Ebonyi Journal of Language and Literary Studies Volume 9 (3) July 2026
EJLLS www.ejlls.com ISSN: 3141-3935 (Online); 3141-3943 (Print) VOL 9

# NDỊNISI OKWU N'IDUUAZỊ UBESIE: ỊMA ATỤ *ISI AKWỤ DARA N'ALA*

**Agụgụ Matthias Odo**
Department of Igbo, Federal College of Education, Eha-Amufu
matagugu@gmail.com

## Ụmị

Ndịnisi okwu, dị ka mmewere agụmagụ, bụ ihe ndị ahụ pụtara ihe na ndụ ndị mejupụtara ụwa iduuazị nke na-ezipụta onwe ya na mmewere iduuazị dị ka ndọkọ akụkọ, akparamagwa d.g. N'ihi mmekọrịta dị n'etiti odee na ọgụụ n'agụmagụ, odee na-ehi asaa n'anya họrọ ndịnisi okwu o nwere nke ga-enyere ya aka gwuzobe mpụtara na nhụmụwa ya n'ụdị ga-emetụta ọgụụ na mmụọ, nye ya obi aṅụrị, afọ ojuju, ncheta na agbamume. N'ọnọdụ iduuazị n'asụsụ Igbo, ọtụtụ kwenyere na o nweghi onye na-ede ka Ubesie, ma o nweghi onye Ubesie na-ede ka ya. Nka asụsụ ya, kewara ya na ndị ogbo ya, bụragodu mgbe ha na-ede n'otu isi okwu. A na-eche na n'ihi ụdị ndịnisi okwu Ubesie ji arụ ọrụ n'iduuazị ya, mere ndị ọgụụ ji enwekarị mmasị n'iduuazị ya. Nchọcha a lebara anya na ndịnisi okwu pụtara ihe n'iduuazị *Isi Akwụ Dara N'ala* nke Tony Ubesie. Mbunuche ebe a, bụ ịhọpụta ndịnisi okwu pụtara ihe n'iduuazị a, gosi ebe ha batara, ka odee siri jiri ha rụọ ọrụ na ihe o bu n'uche mee nke a. Nchọcha a, gbasoro usoro nka ndịma mma n'imejupụta mbunuche ya. N'ikpeazụ, nchọcha a chọpụtara na nhọ ndịnisi okwu Ubesie hibere isi n'ihe na-eme oge ugbu a na ndụ ndị Igbo. Ọ chọpụtakwara na e nweghi onye na-echere Ubesie aka mgba n'etiti ndị ogbo ya n'agụmagụ ederede Igbo, n'ihi na ndịnisi okwu ya n'akụkọ a rọrọ arọ Igbo bụ ọpụrụ iche.

***Abstract***: *Theme as an element of literature, is the attribute that characterizes the lives of the people that populates the world of a novel. These attributes are made visible through novel elements like plots, tone, mood, characterization, point of view etc. Most often, the expected relationship between the novelist and his reader influences the writer's choice of themes and stylistics devices; which will make explicit his world view in a way that will provoke the spirit, happiness, satisfaction, calling to mind and courage of his reader. Today in Igbo written literature, most scholars believe that no Igbo novelist writes like Tony Ubesie and that Tony Ubesie did not write like any. His language style, choice of theme is the divide between him and his contemporaries even when they are writing on same topic. It is widely believed that the level of respect he commands amomgst his readers is predicated on his style of writing. This paper studies 'Themes in Tony Ubesie's 'Isi Akwụ Dara N'ala' with a view to find, sifter, show where they fall and the author's purpose of choice. Qualitative method was adopted for achieving the objectives of this study. The study found some themes as they exist in the study text. It also discovered that Tony Ubesie's choice of theme centers on the current issues that are prevalent in Igbo milieu. The study concludes that Tony Ubesie does not have a rival in choosing themes of Igbo literary novel as his choice is second to none.*

# 1 Mkpọlite

## 1.1 Ntọ ala nchọcha

Agụmagụ bụ enyo e ji ahụta ndụ na obibi ya. Ọ bụ otu n'ime ụzọ nzirite ozi n'etiti odee na ọgụụ ma ọ bụ ndị nkiri dị ka ọnọdụ siri dị. Ọ bụ ọrụ nka, nke odee kpachara anya dee banyere ka o si hụta ụwa ndị ọ chọrọ ime ka ndị mmadụ tụlee.

Ndịnisi okwu ka e nwere ike ịhụta ka enyo ihe nwere ike ịdị adị ma ọ bụ ihe nwere ike ime eme; ya bụ, mgbe mmadụ nwere ihe ọ ga-egosi, ịma atụ foto na-egosi ihe dị n'ime ya, ihe ahụ a hụrụ n'ime ya, nwere ihe o yiri, site n'ihe o yiri, ka e nwere ike ịsị na ọ bụ onye a ma ọ bụ onye ọzọ. Ihe ọ bụla enyo uche hụrụ ma ọ bụ chepụtara bụ mmenụwa, dị ka ihe e nwere ike imetụ aka, ịhụ anya, iyi n'uche d.g. bụcha mmewere ndịnisi okwu. Ihe nke a na-egosi bụ na ihe ndị a hụrụ na nrọ so na ndịnisi okwu. N'ọtụtụ agụmagụ ọnụ na agụmagụ ederede Igbo, e nwere ndịnisi okwu dị iche iche dị ka amamihe, nzuzu, ụsa, ajọ nwunye di, agadi nwaanyị, oke ọchịchọ, isi ike, ajọ obi, ịgba n'ezi, iri ngarị, aghụghọ, nnupụ isi, mmegbu d.g.

E nwere ike ịsị na eserese, ederede ma ọ bụ ekwurekwu nke e webatara n'ọrụ nka bụcha ndịnisi okwu. O nwere ike ịdị n'ụdị akparamagwa, osisi, ugwu, mmiri, maka na mgbe ụfọdụ, ihe ndị a nwere ike ịbata dị ka agwa n'akụkọ. N'ebe ahụ, ha nwere ike ịkpa agwa nzọpụta, agwa mgba ama, arụsị bịara ịbọ ọbọ ma ọ bụkwanụ ọrụ ọzọ odee kenyere ha n'agụmagụ ya.

Ọ gaghị abụ nkwuhie okwu ma a sị na iduuazị Ubesie kwụpụtara ma bụrụ ọ kwụrụ ọ karịsịa n'etiti agụmagụ Igbo ugbu a ndị ọzọ. Ubesie ghọtara omenala na ọdịnala nke ọma; nke a na-eme na ndịnisi okwu ya dị ka ọ na-apụta ihe n'iduuazị ya na-egosi nke a. Agbanyeghi na ntọala iduuazị ya na-abụkarị n'ala Igbo, ọ na-esi na nkwenye ndị Igbo na ụzọ ha si ahụta ụwa, banye na nke metụtara mba ụwa gbaa gburu gburu.

Ọ bụ ezi okwu na iduuazị na-akọwakarị ihe na-emegasị na ndụ ndị mmadụ mana ọ dịghị mfe ịhazi ma ọ bụ ikewasị ndịnisi okwu. Agbanyeghi ka e si mee nseke ndịnisi okwu, anyị aghaghị ịhụ na ụfọdụ ndịnisi okwu ka ọ dị ka a ga-asị na e ji ama otu odee ma ọ bụ ndị odee nọ n'otu otu. Ka o sila dị, o nwere ndịnisi okwu ndị e nwere ike ịsị na o nweghi odee e jiri ya mara ma ya fọdụ ịsị na ọ dị ọhụụ. Ụdị ndịnisi okwu a ka a na-ahụta ka nke ọdịnala, nke ozuru mba ọnụ, nke dị ọkpụ ma na-apụtakarị ugboro ugboro n'ọrụ nka. Ịma atụ ebe a bụ 'mbe' dị ka onye aghụghọ n'akụkọ ọdịnala. A gaghị asị na o nwere odee ọ bụ ya chepụtara nke a dị ka ndịnisi okwu akụkọ ọ batara na ya. Agbanyeghi nke a, n'ọtụtụ iduuazị, a na-enweta ndịnisi okwu site n'atụmatụ agụmagụ pụtara ihe ma ọ bụ n'agwa agwa. Ọ bụ ndịnisi okwu ndị pụtara ihe n'iduuazị *Isi Akwụ Dara N'ala* nke Tony Ubesie ka nchọcha a ga-eleba anya.

## 1.2 Nsogbu nchọcha

Ọtụtụ ndị nọ n'ihe ọmụmụ agụmagụ ederede dị ka a na-eche, kwenyere na ndịnisi okwu na atụmatụ agụmagụ bụ isi sekpụ ntị, nke na-eme ka iduuazị na-enye mmasị n'ebe ọ dị ukwuu. Ha kwenyere na ọ bụ ya kewara aka ọrụ ndị odee iduuazị Igbo a maara. Wezụga nke a, ha kwenyere na ihe mere Tony Ubesie jiri bụrụ ọpụrụ iche na nka agụmagụ bụ site na ndịnisi okwu na atụmatụ agụmagụ ọ na-ahọrọ, bụ nke o ji akpọfe ma na-azụrụ uche ọgụụ. Nchọcha a chọrọ ịchọpụta ka nke a siri

EJLLS www.ejlls.com ISSN: 3141-3935 (Online); 3141-3943 (Print)

bụdebe ezi okwu, site n'ileba anya na "Ntule ndịnisi okwu n'iduuazị Ubesie: Ịma atụ *Isi Akwụ Dara N'ala*"

## 1.3 Mbunuche nchọcha

Mbunuche izugbe nchọcha a bụ inyocha iduuazị *Isi Akwụ Dara N'ala* nke Tony Ubesie, ebe mbunuche nchọcha a kpọm kwẹm bụ; Ịchọta, họpụta ndịnisi okwu pụtara n'iduuazị *Isi Akwụ Dara N'ala* nke Tony Ubesie, gosi ebe odee webatara ha na ihe o bu n'uche mee nke ahụ.

## 1.4 Ajụjụ nchọcha

Site na mbunuche ndị a dị n'elu, ajụjụ nchọcha a na-esote, ka a ga-agbado ụkwụ na nchọcha a.

a. Kedu ndịnisi okwu pụtara ihe n'iduuazị *Ụkpana Okpoko Buuru*?

b. kedu ebe odee webatara ndịnisi okwu ndị a na ihe o bu n'uche webata ha?

## 1.5 Uru nchọcha

N'ihi na e kwuola na mbunuche nchọcha a kpọm kwẹm bụ ịchọpụta ndịnisi okwu pụtara n'iduuazị *Isi Akwụ Dara N'ala* , mere nchọcha a ga-eji baa uru n'ụzọ dị iche iche.

Ọ ga-enye aka gbakwụnye amamihe dị adị na ngalaba ọmụmụ agụmagụ Igbo kpọm kwẹm nakwa na ngalaba agụmagụ nke ndị Afrika gbaa gburu gburu. Ọ ga-enyere ndị nọ n'amụmamụ agụmagụ Igbo ọkacha n'ọmụmụ aka nka, ndịnisi okwu na nka nzipụta akụkọ na ka e si eji ha eme ntụcha n'akwụkwọ agụmagụ site n'ịgbazite echiche na nchọpụta e nwetara na nchọcha a. Ọ ga-ewepụta ndịnisi okwu odee webatara n'iduuazị *Isi Akwụ Dara N'ala*. Agbanyeghi na e nwebeghi ọtụtụ akwụkwọ ọgụgụ Igbo n'ihe banyere ntụcha agụmagụ, nchọcha a ga-abụ otu n'ime akwụkwọ nrụmaka n'isi okwu a kpọrọ aha na ngalaba a nọ na ya mee nchọcha a.

Nchọpụta izugbe n'ọrụ nchọcha e merela n'akwụkwọ agụmagụ na-egosi na e meela ọtụtụ nchọcha na ndịnisi okwu n'asụsụ ndị ọzọ n'ụwa mana nke e mere n'asụsụ Igbo dị nta. N'ihi ya, nchọcha a ga-atụchapụta ndịnisi okwu na omenala Igbo site n'inyocha iduuazị *Isi Akwụ Dara N'ala* dị ka ihe mgbakwasị ụkwụ. Nchọcha a ga-esi na nnyocha iduuazị *Isi Akwụ Dara N'ala*, gosipụta ụfọdụ omenala Igbo, nkọwa ha na uru ha bara nke ga-eme ka mmụta ndị mmadụ ga-enwe banyere ndị Igbo, omenala, asụsụ na usoro obibi ndụ ha bawanye. Uru ọzọ, bụ na nchọcha a ga-abụ mgbakwụnye ọhụụ n'okpuru ihe ọmụmụ a nọrọ na ya mee nchọcha a. Ọ ga-enyekwa aka kwalite nchọcha na ọrụ ndị e merela na ntụcha agụmagụ, ọmụmụ aka nka na ngalaba ọmụmụ ndị ọzọ metụtara ha.

## 2 Ntụleghar̄ị Agụmagụ

E zipụtara nke a n'usoro ndị a: Ntụle echiche ndị bụ isi (nkọwa ọkpụrụkpụ okwu), atụtụ mmụghar̄ị, nchọcha e merela n'isi okwu na nchịkọta ntụleghar̄ị agụmagụ.

## 2.1 Ntụle echiche ndị bụ isi: Nkọwa mkpụrụ okwu njimarụ:

### 2.1.1 Asụsụ na agụmagụ

Uru izi asụsụ bara bụ iji ya zipụta echiche, ya bụ, iji ya mee ka a mata ihe onye bu n'uche ọ chọrọ ka a mata. N'agụmagụ, asụsụ na-eme nke a ma karịa. Agụmagụ na-ewebata asụsụ dị ka ụzọ ngosi nka mma wezụga naanị maka mkparịta ụka. Ọ bụ ezi okwu na ọrụ a rụrụ n'ụzọ nka na-enwe mmewere dị iche iche dị ka ndịna, nsirihụ, olu okwu, nhazi akụkọ, akparamagwa na atụmatụ agụmagụ ndị ọzọ; wezụga asụsụ, ihe ndị a agaghị adị ire ma ya fọdụ ịbụ ihe ha bụ. N'aka nke ọzọ, ọ bụ site n'asụsụ ka ha jiri dịrị ma na-apụtakwa ihe n'ọdịdị ha. Ọ bụ iji asụsụ wepụta nka mma kewara agụmagụ na ihe ọmụmụ ndị ọzọ. E nwere ike ịsị na tupu mmadụ emewe nseke agụmagụ, onye ahụ ga-eburu ụzọ nwee ezi nghọta banyere asụsụ, ọkacha n'ebe ọdịdị na ọrụ ya dị. N'ihi oke mkpa asụsụ dị n'agụmagụ, mere ọmụmụ aka nka agụmagụ ji agbado ụkwụ n'etu e si ewere asụsụ ewepụta nka mma. Asụsụ bụ ihe ọ bụla mmadụ nwere ike ikwu n'ọnụ ma ọ bụ jiri akụkụ ahụ gosipụta mana iji asụsụ wepụta nka mma n'agụmagụ pụtara ịhọrọ asụsụ kwesiri ekwesi tinye n'ebe ọ dabara ka o wee metụta mmụọ ọgụụ. Ọ bụzị inwe mmasị ka odee si jiri asụsụ rụọ ọrụ nka ya n'agụmagụ ya ka aka nka bịara were ọnọdụ.

### 2.1.2 Aka nka agụmagụ

Aka nka dị ka *Oxford dictionary of literary terms* kọwara bụ alaka amụmamụ asụsụ nke ugbu a, wepụtara onwe ya n'ime nseke nka agụmagụ ederede ma ọ bụ nhọ okwu amụmamụ asụsụ nke ndị okwuu na ndị odee webatara n'edemede nkịtị abụghị agụmagụ. Ọ bụ ọmụmụ na ịtapị ederede site n'iji anya amụmamụ asụsụ mere ihe mgbakwasị ụkwụ (htt:/www.answers.com/topic/stylistic). Aka nka bụkwa ọmụmụ nka e webatara n'agụmagụ ederede na nke ekwumekwu na ka o siri metụta ndị ọgụụ, bụ ihe ndị ahụ odee bu n'uche.

Ụzọchukwu (1990) sịrị na n'aka nka agụmagụ, na a na-ewere asụsụ ka ihe nhọrọ. N'ebe a, ihe ọmụmụ dị iche iche nwere asụsụ dabara e ji amụ nke ọ bụla, ya bụ, na e nwere asụsụ dabara n'agụmagụ, n'ekpemekpe, na sayensị na nkanụzụ d.g. Ọ sịrị na n'otu aka ahụ, ndị mmadụ na-ahọrọ asụsụ dabara adaba n'ikwu okwu site n'ọnọdụ ha nọ na ya. Ebe ọzọ aka nka nwere mmasị bụ n'ịchọpụta ka odee siri jiri atụmatụ agụmagụ a nabatara mee ka ọrụ ya dị ezigbo ire n'ụzọ pụrụ iche. N'ebe a, ka e lebaa anya n'ụdị aka nka dị ka ọ na-apụta ihe na nkọwa e nyere n'elu.

O zipụtara ụdị aka nka dị ka; Nka dị ka nhọ okwu: Ọtụtụ mgbe, a na-ahụta ndị odee dị ka ndị na-eme ngara. Ihe nwere ike ibute nke a bụ maka na ha, ụfọdụ ma ọ bụkwanụ nkarị n'ime ha, na-ahọrọ ndọkọ amụmamụ asụsụ nke dị n'ime asụsụ ya karịa ibe ya. Nke a nwere ike ịbụ ihe ndị Igbo na-ekwu na ofeke a naghị ama mgbe e kere nkụ ụkwa. N'ibu echiche a n'uche, mmadụ nwere ike ịsị na ihe dị iche dị, n'etiti nka na asụsụ. N'ebe a, odee na-agba mbọ hụ na nhọ okwu ya ga-adaba nke ọma n'ụdị iwepụta mbunuche ya na nka mma kwesiri ọnọdụ, a nọ na ya.

Nke abụọ, nka dị ka ndagba. A bịa n'agụmagụ, ụzọ ọzọ e si elegara asụsụ anya dị ka o siri metụta iji asụsụ wepụta nka mma bụ iwere asụsụ ka ihe adịghị iche n'asụsụ ndị ọzọ; ya bụ, odee ịsụgharị asụsụ ndị ọzọ nwere ike ịsụ, mee ya ka o metụta ọgụụ na mmụọ n'ụzọ pụrụ iche. Ihe nke a na-egosi bụ na odee abụ, ejije ma ọ bụ iduuazị nwere ike iwepụta nka mma site n'ihe ndị ahụ ga-ekwe omume n'asụsụ ya.

Ụzọ nke atọ e si elegara nka anya bụ na ndacha asụsụ. Dị ka e si were nka ka ihe nhọ okwu, ndacha ka a na-ahụta ka ihe adịghị ọhụrụ. Mukarowsky (1974) na-ahụta nka ka ihe ọhụụ, ime ka a hụchata na ihe ga-eme ka uche mmadụ dị n'ihe d.g. Ọ na-egosi na odee abụ ịgbakwụta ihe dị n'asụsụ azụ ma were nke adịghị n'asụsụ mere ihe n'abụ ya, na-egosi na ọ ma nke ekwe na-akụ n'iji asụsụ dee agụmagụ; n'uche ya, wezụga nke a, a gaghị enwe abụ. Nwa amadị a na-ekwu na iji ihe dị n'asụsụ ma ọ bụ asụsụ a na-eji akpa ụbụbọ kwa ụbọchị ede abụ na-eme ka ndị odee ghara ịhụta ya ka ihe ga-akọwapụta mbunuche ha ma ọ bụkwanụ ihe nwere ike iwepụta nka mma agụmagụ ha. N'echiche a, nghọta nka dị ka ndacha na-egosi na asụsụ abụ ga-adị n'ụdị ga-agbakwụta asụsụ nkịtị azụ, ya bụ, na ọ ga-enupụrịrị isi n'iwu asụsụ e ji eme ihe kwa ụbọchị. Na ndị odee abụ na-eme nke a, ya bụ inupu isi n'iwu na n'ihe asụsụ nabatara, ịchịgharị okwu ka o si masị ha n'ụdị ga-ebute mgbagwo bụ maka na ha nwere ikike ime etu ahụ.

### 2.1.3 Ndịnisi okwu

Nke bụ ezi okwu bụ na iduuazị na-enwe ndịnisi okwu ọzọ ma e wezụga nke nọ n'elu. Ọ dịkwa mkpa ime ka a mata na ọdịnala, agụgụ ala na akụkọ ala odee, na-agbazi ime ka odee họrọ ndịnisi okwu ọ ga-ewebata n'iduuazị ya. E nwee ike ịghọta ihe ndị nwere ike ibute odee ịhọrọ ndịnisi okwu ya, ọ ga-enyekwa aka ịghọta nke ọma, iduuazị ahụ n'onwe ya nakwa ndịna akụkọ ala agụmagụ ọrụ ahụ zipụtara onwe ya.

Gịnị bụ ndịnisi okwu? Kedu ka e si amata ha n'agụmagụ? N'usoro omenala, a na-adabekarị na ka ọgụụ si ahụta, n'ụdị ịsị na iduuazị a bụ maka ekpemekpe ma ọ bụ agha, ghara ileba anya n'ihe ndị ghọrọ ndịnisi okwu agụmagụ. Ndịnisi okwu agụmagụ bụ ihe ndị ahụ iduuazị na-ekwu maka ya, abụghị isi akụkọ.

Ụzọchukwu (2001) sịrị na ndịna iduuazị mejupụtara isi okwu na ndịnisi okwu. Odee na-ede maka otu ihe, o nwere ike, ọ bụrụ alụmalụ, agha, ọnwụ, ekpemekpe d.g. Ihe ahụ odee na-ede maka ya bụ isi okwu. Ihe ndị ahụ odee na-ekwu banyere isi okwu ahụ bụ ndịnisi okwu. N'ebe ahụ, ọ bụ isi okwu na ndịnisi okwu bụ ihe mebere iduuazị.

E nwere ike ịkọwa ndịnisi okwu dị ka ihe bụ mgbọrọgwụ agụmagụ. Agbanyeghi na a naghị ahụchatacha ndịnisi okwu nke ọma ma ọ bụ na ọ naghị eyi akwa e ji ama ya, ọ dị mkpa n'agụmagụ n'ihi na ọ bụ ya na-enye agwa iduuazị na mmemme pụtara na ya, ndụ. N'otu aka ahụ, ọ bụ ya na-egosipụta ka odee si ahụta ụwa; dị ka o siri metụta ka ndị mmadụ kwesiri isi na-ebi ndụ na ka ha si ebi ndụ ha kpọm kwem.

Griftith (1982) kọwara ndịnisi okwu dị ka echiche dị n'etiti iduuazị, agbanyeghi ma ọ bụ iduuazị, abụ, ma ọ bụ ejije. Ọ bụ ihe ahụ iduuazị na-ekwu banyere ọnọdụ mmadụ n'agụmagụ. Ọ na-eleba anya n'ụzọ anọ pụtara ihe na ndụ mmadụ; ha bụ, ọdịdị: mmadụ, ọgbọrọgbọdọ mmadụ, ọzụzụ mmadụ na mmụta o nwere na ihe a na-atụ anya n'aka ndị mmadụ.

Ndịnisi okwu ka a na-enweta site n'ọdịdị ise mmewere agụmagụ dị n'akụkọ. N'agụmagụ iduuazị ma ọ bụ ejije, mbunuche ndịnisi okwu abụghị naanị nkụzi; n'ezi okwu, odee anaghị ezipụta ya n'ụdị ga-egosi ya nke ọma n'agụmagụ kama ọ bụ nke a na-esi n'akparamagwa agwa, emereme agwa na ntọala akụkọ emepụta.

EJLLS www.ejlls.com ISSN: 3141-3935 (Online); 3141-3943 (Print)

## 2.2 Ntụleghari̩ Atụtụ

Ihe banyere atụtụ mmụghari̩ ma a bi̩a na nnyocha agụmagụ na-arụtụ aka n'arụmarụ banyere uru di̩ na nnyocha agụmagụ. Ajụjụ banyere uru di̩ na nnyocha agụmagụ adi̩ghi̩ mwepụ n'ihi na mgbe onye nnyocha bi̩ara họrọ otu iduuazi̩ n'ụdi̩ i̩tụcha ya n'otu isi okwu, ihe ọ pụtara bụ na odee ga-eso n'ihe a na-eme ma a jụwa ajụjụ banyere uru di̩ na ya bụ agụmagụ. O nwere ike ọ bụrụ nke a mere Tate (1983) ji atụnyere ntụcha nke ike ikpe di̩ ka ihe "ga-adi̩gide mkpa na nke agaghi̩ emezu". Ọ bụ ọdi̩di̩ mkpa a, ike ikpe di̩, di̩ ka o siri metụta uru di̩ n'agụmagụ butere igwuzobe ihe a kpọrọ "ọmụmụ uru" ma ọ bụ "atụtụ uru di̩ na nnyocha agụmagụ".

Atụtụ a bu n'uche igwuzobe ụzọ ọmụmụ na-eleba anya n'ihe na-eme na otu iduuazi̩ na-aka enye mmasi̩ kari̩a ibe ya. Ruthen (2003) na-egosi na e nwere ọkpụrụkpu ụzọ abụọ pụtara ihe n'atụtụ ọmụmụ uru di̩ na nnyocha agụmagụ; nke metụtara nka mma na nke emetụtaghi̩ nka mma. Nke nka mma, metụtara ihe ndi̩ di̩ n'ime agụmagụ di̩ ka aka nka na ọdi̩di̩, nke na-eme ka a hụta agụmagụ ka ihe nnọrọ onwe e ji anọri̩ oge; ebe nke emetụtaghi̩ nka mma n'ọdi̩di̩ bụ i̩hụta agụmagụ ka ihe di̩ ezigbo ire n'ibute ọtụtụ ihe di̩ iche iche na mmekọri̩ta mmadụ na ibe ya.

Ọ ga-adi̩ mkpa inwe ụzọ ọmụmụ a ga-eji soro agụmagụ nke ga-enwe n'ime ya, ndi̩na na ọdi̩di̩ ọrụ nke e ji n'aka. Nchọcha a, gbasoro usoro nka ndi̩ma mma nke Jonathan Charteris-black tụpụtara ma bụrụ nke yitere atụtụ Lakoff na Johnson ji enyocha ekwumekwu. Atụtụ a na-egosi na asụsụ abụghi̩ naani̩ ụzọ mmekọri̩ta mmadụ na ibe ya; kama, ọ bụ ụzọ e si agbanwe omume na echiche mmadụ ka ọ kawanye mma. Atụtụ a na-egosi mbunuche na echiche di̩ n'ime asụsụ nka nke e ji ezipụta ndi̩nisi okwu agụmagụ. Atụtụ Charteris-black (2006) zipụtara ụzọ atọ e si eme nseke ndi̩nisi okwu na asụsụ nka e jiri zipụta ha. Nke a gụnyere; i̩rụtụ ha aka, i̩kọwa ha na igosi ebe e ji ha rụọ ọrụ n'akwụkwọ agụmagụ.

Agba nke mbụ bụ i̩rụtụ ndi̩nisi okwu aka, gụnyere i̩gụmi iduuazi̩ a họọrọ ma chọpụta ndi̩nisi okwu pụtara na ha. Nchọcha a, gbasoro usoro Charteris-black (2004) a na-agbaso arụtụ ndi̩nisi okwu aka. Usoro atụtụ a di̩ ụzọ abụọ, nke mbụ bụ ngụmi iduuazi̩ a họọrọ ebe nke abụọ bụ izipụta ọnọdụ ndi̩nisi okwu ndi̩ batara na ya, ka ndi̩ mmadụ ghọta ya site na nhụrụ ụwa ha.

Atụtụ a, di̩ ka usoro ọmụmụ na-eleba anya, n'ihe akụkọ na-ekwu maka ya i̩ma atụ; kedu ihe bụ isi sekpụ nti̩ n'iduuazi̩ a na-ekwu maka ya?, kedu ihe na-ada?, E doziala ya ka ọ bụ na e dozibeghi ya?, kedu ọnọdụ na mmemme ndi̩ ahụ pụtara ihe nke na-ezipụta ndi̩nisi okwu. Ileba anya n'ụdi̩ agwa nọ n'akụkọ, ụdi̩ ihe ha na-anọchite anya ya nke ga-egosi ndi̩nisi okwu e ji ha chọọ ka ọgụụ mara; i̩ma atụ agwa ndidi, agwa ezi okwu, agwa ajọ obi d.g. Omume agwa ndi̩ a, ndi̩ nwere ike i̩di̩ ka ọ natara chi, nwere ike i̩bụ ezi omume ma ọ bụ ajọ omume ka e ji usoro eleba anya. Ọzọ di̩ ka ibe ya bụ njiri mara agwa na ihe ndi̩ ọ na-eme, ebe agwa ahụ di̩ ire na ebe o riri mperi, ka agwa ahụ si agbanwe n'akụkọ, ihe mere e ji webata ha n'akụkọ, echiche ha banyere okwu ụfọdụ, ka omume ha si emetụta agwa ndi̩ ọzọ nọ n'akụkọ na ọdi̩mara a kpachara anya webata na ndọkọ akụkọ di̩ ka ndi̩nisi okwu bụcha aka ọrụ ya.

### 2.2.1 Nchọcha e merela n' isi okwu

Ikeokwu (2004) lebara anya na ndagba na ndacha amụmụma asụsụ n'ime iduazi̩ Ubesie. O jiri *Mmiri Ọkụ E Ji Egbu Mbe* mụọ nke a. Site n'agwara aka nka izugbe, o wepụtara agwara nka mma

dị n'iduuazị *Mmiri Ọkụ E Ji Egbu Mbe*. N'okwu ya banyere ndịnisi okwu na nka pụtara ihe n'iduuazị Tony Ubesie, ọ sịrị:

> akwụkwọ *Mmiri Ọkụ E Ji Egbu Mbe* na ndị ọzọ gosiri n'ebe ọ dị ukwuu ụtụ Ubesie tụnyere n'uto agụmagụ Igbo. A na-ekwu n'agụmagụ Igbo, n'ihi na iduuazị ya niile mejupụtagbadoro, na-esighi agụgọ, ihe ndị otu *libertarians* nke Emenyọnụ na Ugonna nọ n'isi ya wepụtara dị ka mmewere agụmagụ ederede Igbo.
>
> MOEJEM (*Mmiri Ọkụ E Ji Egbu Mbe*) pụrụ iche ma see elu n'ihi na ọ gbara n'anwụ ihe niile Enyi mere ebe ọ na-achọ ịdị ndụ n'ọgbọrọgbọdọ e jiri 'akwa ọgazị uchu, nke ọkụkọ oriri mara; ya bụ, 'ugo bere, nku kwaa egbe'. Ndịnisi okwu sitere n'ịgwọ ọgwụ Okafọ gwọrọ, o ji egbu ndị ezi na ụlọ Ụzọdịmma na mmegbu ụmụ aka gafere nku aka, pụtara ihe na ya. (*Mmiri Ọkụ E Ji Egbu Mbe,* ihu 4)

Ikeokwu na-egosi na ọnwụ Ụzọdịmma bụ nna Enyi, n'ihi ogbugbu o gburu Okafọ; butere ahụhụ Enyi tara n'aka Nneka nne ya ukwu, bụ nwunye nwa nne nna ya. Dị ka o kwuru, Ubesie hiri aka n'anya webata ndịnisi okwu nke abụọ iji gosi ọha ihe iwe ọkụ na enweghi ndidi nwere ike ibute. N'ebe a, odee ji ya akọwa mkpa ọ dị bụ ịzụlite ụmụ aka n'ụzọ ziri ezi.

Ezugwu (2005) dị ka e gosiri n' ime Achọmma (2011) lebara anya n'isi okwu na nka n'ime iduuazị Ubesie ma chọpụta na ka Ubesie si ekepụta okwu na usoro nzipụta akụkọ ya, bụ ụzọ ndọkọ akụkọ ya enweghi oyiri. Ọ na-egosi na akụkọ ya na-amasị ọgụụ niile n'ihi na ndịnisi okwu ya bụ ozuru mba ọnụ. Isi okwu ndị o zipụtara gụnyere agha, alụmalụ na izu ohi. Ezikeojiakụ (2001) n'igosi ka isi okwu iduuazị Ubesie siri bụrụ ozuru mba ọnụ dere:

> A na-ahụta Ubesie ka mmadụ ọha, ọka echiche, ọkpa ọchị/onye ngwuri egwu na onye ikpe nkwụmọtọ. Ọ bụ ọ kwụrụ ọkarịsịa ma a bịa n'ihe gbasara ide iduuazị Igbo n'etiti ndị ogbo ya. A naghị ahụta ya naanị ka onye na-egosi emereme ọdịnala kama ka odee iduuazị na-esite na ndịnisi okwu gosi ihe banyere ndị Igbo. Agbanyeghi nke a, ọ bụ Ojemba, nke na e wezụga na ọ na-atọ ntọala iduuazị ya n'ala Igbo, ọ na-esi na mkpa obi ọma, gaa na nke mgba anya mmiri; nke banyere izu ohi na ọrụ ndị uwe oji gaa n'akụkọ metụtara onye anaghị ekwu ezi okwu mgbe ụfodụ mana ọ na-eme ihe ndị mmadụ ga-eji hụ ya n'anya. Ihe ndị a niile (ndịna isi okwu a) ka o ji eme ka ndị mmadụ gbanwee omume ọjọọ ha ma were nke dị mma mewe naanị, maka ọdị mma ọgbọrọgbọdọ a; ya bụ, nke e ji eme ka obodo anyị dị mma (ihu 47).

Otu ihe pụtara ihe na ndịnisi okwu na aka nka Ubesie bụ na aha o nyere iduuazị ya, na mbunuche ya na-abịakarị n'ahịrị okwu ikpeazụ. Emenyọnụ (2001) kwetara na nke a, mgbe ọ sịrị:

> Nka, Ubesie ji eweta iduuazị ya n'isi njedebe, kacha pụta ihe na nka ya ndị ọzọ. Aha iduazị ya na mkpa ọ dị na-abịa n'ahịrị ikpeazụ n'iduuazị ya dị ka ụzọ ịkpa ọchị ma ọ bụ ikwu na mmụta nke bụ nchịkọta ndịnisi okwu ya. Nke a pụtara ihe n'*Isi Akwụ Dara N'ala*, *Jụọ Obinna*, *Ụkpana Okpoko Buuru* na *Ụkwa Ruo Oge Ya, Ọ*

> *Daa*. Ya bụ na ọrụ ya na-agwụ ka o siri bido n'echiche dị omimi nke na-aghọrọ ọgụụ nri uche (ihu 38).

Ihe na-ebute ndịiche n'aka ọrụ odee na ibe ya bụ ihe ndị nnyọcha agụmagụ ụfọdụ kpọrọ iwebata ihe ọhụụ na mgbanwe aka n'ụzọ na otu ha si ezipụta akụkọ na nhọ ndịnisi okwu. Ọtụtụ na-eweliri Ubesie aka maka nke a. Lee ihe ha kwuru:

> Ihe dị ka ọkara senturi kemgbe Pita Nwanna wepụtara iduuazị mbụ na mbụ ya, ọ kpọrọ *Omenụkọ*, agụmagụ Igbo bịara rịa elu ma nwee isi site n'iduazị a rọrọ arọ Ubesie. Odee iduuazị a ma ama nke gụnyere *Ụkwa Ruo Oge Ya, Ọ Daa* (1973), *Isi Akwụ Dara N'ala* (1973), *Ụkpana Okpoko Buuru* (1975) na *Jụọ Obinna* (1977). Ihe kewara Ubesie ma mee ya ọkaibe n'iduuazị Igbo bụ aka nka na ndịnisi okwu ya. Ọ bụ ọkaibe n'ebe agụmagụ na iduuazị Igbo nọ. Ihe Chinụa Achebe nwetara site n'iji asụsụ Bekee dee agụmagụ banyere ndị Afrika ka Ubesie nwetara site n'iji asụsụ Igbo dee agụmagụ banyere ndị Igbo na ndị ọzọ, nhata nha kwesirinụ n'etiti asụsụ na ozi e ji ya ezi. Ma Ubesie ọ na-ede maka mgba anya mmiri pụtara n'agha, ime ọyị/ọkwụ na alụmalụ, ihe ụsọ na ntịgharị anya dị na ndụ ndị ntorobịa, ndọrọ ndọrọ ọchịchị ọdịnala, iji egbe zu ohi, ma ọ bụ ọgụ mba na ibe ha na ịgba ohu, Ubesie na-akwụgidesi ike na ndịnisi okwu ya, asụsụ kwụ chịm na n'atụmatụ agụmagụ o ji achọ iduuazị ya mma Emenyọnụ (1988).

Ihe Emenyọnụ na-ekwu bụ na Ubesie bụ onye ndu ndị odee agba ọhụụ n'ala anyị, bụ ndị dị ka a ga-asị na ha na-ege ntị n'olu ndị ọga na-asị na ugbu a, na ha nwere ike iji asụsụ ha mee ka ụwa hụ ha ma nụ olu ha n'ogo olu. N'uche ya, aka nka Ubesie ga-abụrụ ndị odee agụmagụ Igbo n'ọdịnihu ebe ndabere maka na, n'echiche ya, mmadụ ime nke ọma n'edemede ekereuche na-esite n'ime nke ọma n'ịbụ a kwaa a kwụrụ n'ihe dị mkpa n'asụsụ, maka na agụmagụ bụ asụsụ e tinyere n'ọrụ.

Agụmagụ dị ka a ma, anaghị esi n'elu adata n'ala; kama, ọ na-esite n'ọgbọrọgbọdọ nke na-azụ ya; n'ihi nke a, ihe ọ bụla ga-adọta echiche odee bụzị agụmagụ; ọ bụghị maka ọchịchị, ọ bụrụ maka nkwado. Ka o sila dị, n'ịgbanwe okwu ndọrọ ndọrọ ma ọ bụ nke mmekọrịta mmadụ na ibe ya ka ọ bụrụ agụmagụ, a ga-ehi asaa n'anya ma gbaa mbọ, hụ na ọ ga-adị ire ma rụọ ọrụ igbo mkpa e nwere n'obodo. Onyekaọnwụ (2001) kwenyere na nke a n'oge ọ na-etinye ọnụ n'ihe banyere ndịnisi okwu na aka nka Ubesie, mgbe ọ sịrị:

> Kemgbe Ubesie na ndị ogbo ya ndị odee ugbu a batara n' agụmagụ Igbo ka a lụsịrị agha Bịafra, e nwere ihe ịrịba ama dị ka o siri metụta ịgbasa aka n'ịhọrọ ndịnisi okwu na nka edemede/agụmagụ (aka nka). E nwere mkwụpụ na ndịnisi okwu a na-enwe tupu agha Bịafra, nke gbadoro ụkwụ na ndụ ndị ọchịchị ọdịnala na ndị odogwu n'oge gboo/ahụ, emereme omenala dị iche iche, njem na ihe/ahụhụ a gabigara n'akụkọ ala obodo ọkacha n'oge agha, emereme/mmemme na mmekọrịta mmadụ na ibe ya oge ugbu a dị ka ịgba akwụkwọ, ndụ ụmụ akwụkwọ, ime enyi n'etiti ndị ntorobịa, agwa ọjọọ dị ka izu ohi na ajọ otu, ndụ ndị nọ n'obodo mepere emepe, nke ndị nọ n'ihe mnweta n'oge ugbu a, arụ/ihe ndị a na-agbarụrụ ihu n'obodo, ndọrọ ndọrọ ọchịchị ugbu a, akparamagwa ndị ụka d.g. (ihu 114)

EJLLS www.ejlls.com ISSN: 3141-3935 (Online); 3141-3943 (Print)

O nwere ike ịbụ nke a mere Ubesie jiri họrọ ndịnisi okwu dị n'iduuazị ya. Ihe ịma atụ ebe a bụ *Isi Akwụ Dara N'ala* na *Jụọ Obinna* nke ndịnisi okwu ha sitere n'ihe ndị megasịrị n'oge agha Bịafra ebe ndịnisi okwu ụfọdụ iduuazị Ubesie metụtara izu ohi, ọrụ ndị uwe ojii dị ka *Mmiri Ọkụ E Ji Egbu Mbe*, *Ụkpana Okpoko Buuru* na *Ụkwa Ruo Oge Ya, Ọ Daa*, na-egosi ọkpụrụkpụ ihe sitere n'agha Biafra bụ ndị oji egbe ezu na ndị iro ha bụ ndị uwe ojii na ọrụ nchọpụta ha. Na ngwụcha agha Bịafra a, ihe arụ na nke ndị mmadụ na-agbarụ ihu n'ọgbọrọgbọdọ dị ka ọ bịazịrị bawanye. Isi okwu banyere ịkwa iko na ime enyi bụzị nke a na-akpazị ụbụbọ banyere ya na-atụghị ụjọ ọ bụla. Ọnọdụ a butere ịhụ ime enyi dị ka ndịnisi okwu n'ọrụ ndị odee agụmagụ Igbo. *Ụkpaka Mịrịrị Onye Ụbịam* na *Ụkwa Ruọ Oge Ya, Ọ Daa* bụ ezigbo ihe ịma atụ ndịnisi okwu ime ọkwụ.

Ụzọchukwu (2001) lebara anya na ndịna iduuazị Ubesie, ọ chọpụtara na ihe abụọ gbara ọkpụrụkpụ ma see elu n'iduuazị Ubesie bụ alụmalụ na agha Bịafra. Ọ chọpụtakwara na ọkpụrụkpụ ihe ndị a nyere ya ohere ichepụta ndịnisi okwu cheritara onwe ha azụ na myiri ha. N'ịkọwa ya n'ụdị ga-edo anya, ọ sịrị:

> Ma *Ụkwa Ruọ Oge Ya* ma *Ụkpaka Mịịrị Onye Ụbịam*, ha abụọ nwere alụmalụ dị ka ndịnisi okwu mana ka Ubesie siri zipụta ndịnisi okwu n'iduuazị abụọ a gosiri ncherịta azụ pụtara ihe. Ndịnisi okwu *Ụkwa Ruọ Oge Ya, Ọ Daa* bụ alụmdi na nwunye (alụmalụ) gbara mgbọrọgwụ n'ịhụnanya na nghọta ma bụrụ nke kwesiri nṅomi. Na ncherịta azụ, ndịnisi okwu *Ụkpaka Mịịrị Onye Ụbịam* na-arụ aka na n'ezi okwu, na alụmdi na nwunye a manyere amanye, ya bụ, nke esighi n'ịhụnanya na nghọta, dị ka a na-atụ anya, na-eji ọgba aghara/ọdachi agbasa. Ngọzi na chude n'*Ụkwa Ruo Oge Ya, Ọ Daa* tokoro ọnụ ma mara ihe ndị na-amasị onye na nke onye achọghị. Ha gabigara ọtụtụ ihe mgbu na ọnọdụ dị iche iche ma mechaa jikọọ aka n'alụm di na nwunye mịtara ezi mkpụrụ. N'aka nke ọzọ, nna Chinyere n'*Ụkpaka Mịịrị Onye Ụbịam* ekwetaghị ka nwa ya nwaanyị nwee ịhụnanya n'ebe di na-abịara ya, ọ hụrụ n'anya nọ; kama, ọ manyere ya ka ọ lụọ agadi nwoke n'ihi ego ya; onye Chinyere enweghi ịhụnanya n'ebe ọ nọ ma ọlị. Nke a buteere Chinyere isi mgbaka na nchekasị ahụ mechara dubaa ya n'ịkwụ ụdọ. iduuazị abụọ bụ ezigbo ịma atụ ndịnisi okwu icherita onwe ha azụ n'otu. (ihu 20)

Wezụga ndịnisi okwu alụmalụ na agha, Ubesie na-eleba anya ma na-ede iduuazị n'ihe na-eme n'oge ugbu a n'ọgbọrọgbọdọ Igbo. Ịma atụ, bụ nta na imoroko ndị oji egbe ezu na-eme ma mmadụ ma obodo ma mmụọ na ụzọ e si eyiri ha ọnya ma na-ejide ha, nke pụtara ihe na *Ụkpana Okpoko Buuru*. Ubesie bụ ọ kaa o mee n'izipụta ndịnisi okwu na-apụtagasị ihe n'oge ugbu a n'ọgbọrọgbọdọ a n'agbanyeghi ma ọ bụ agha, alụmalụ, ọkwụ, nsogbu a kpụ n'ọnụ na-apụta ihe na ndụ mmadụ. Site n'ihe ndị a dị n'elu, Emenyọnụ (1984) kọwara Ubesie dị ka odee aka na-epu nkọ n'iduuazị nke na-ewebata ihe ọhụụ tinye n'ihe a mabuuru ma ọ bụ tinye na ndịnisi okwu a maburu. Ka o si akọwa ihe ndị na-apụta ihe n'oge ugbu a na mmekọrịta mmadụ na ibe ya na ihe banyere omenala na ụzọ ya, dị ka odee nwere nghọta, na ọ dị mkpa iche aka nabata ezi mgbanwe nke nwere ike ịbịa n'ọdịnihu. Nke kacha enye mmasị bụ na ọ na-ahọrọ ndịnisi okwu dị ezi mkpa n'ọgbọrọgbọdọ ma gbaa ha n'anwụ; nke na ha na-apụtazị ihe karịa mmewere iduuazị ya ndị ọzọ. Nke a na-egosi na Ubesie so ụkpụrụ Emenanjọ (1986) chọpụtara, nke o ji egosi na ọtụtụ n'ime ọrụ nka e zipụtara n'asụsụ Igbo na-arụ ọrụ. Lee ka Emenanjọ siri zipụta ya:

Ebe ọ bụ na agụmagụ a rọrọ arọ na-enwetakarị ihe o ji arụ ọrụ n'agụmagụ ọdịnala ma ọ bụ gbara mgbọrọgwụ n'agụmagụ ọdịnala, agụmagụ ya gbara mgbọrọgwụ na ndụ na nkwenye ndị Igbo nke so mee ya ihe ọ bụ. Ọ gbakwara mgbọrọgwụ n'ọgbọrọgbọdọ ala anyị bụ Naijirịa nakwa na ndụ mmadụ dị ka ihe zuru ụwa ọnụ.

Na nchịkọta ya mgbe ọ na-eleba anya na ndịna iduuazị Ubesie, n'agbanyeghi na o gosila ntụcha Emenyọnụ (1984) mere, nke na-akwado na Ubesie bụ ọ kaa o buru ụzọ n'ide iduuazị nke agụmagụ ya agaghị anwụ anwụ, Emenanjọ sịrị:

Ihe e nwere ike ịkọwa ka aka nka Ubesie n'iduuazị n'ụdị na ihe agụ ji eme ire dị ya na mbọ aka bụ nka asụsụ ya, nke na-eme iduuazị ya mfe ịgụ na okwu ntọọchị o ji ejide ọgụụ, ekwu eche ọzọ nke na-etinye ọgụụ na nchịgharị uche banyere mpụtara na mbunuche ndị mmadụ banyere omume ha; na akparamagwa pụtara ihe/bụ ezi okwu nke na-egosi/bụ enyo ndị mmadụ n'ọgbọrọgbọdọ n'ụdị agaghị apụ ọgụụ n'uche mgbe ọ na-agụ ma ọ bụ mgbe ọ gụchara iduuazị ya.

Nkwo, I.N. (2025) Lebara anya n'echiche ndị welitere isi n'ala Igbo banyere Tony Ubesie n'isi okwu ọ kpọrọ 'TONY UBESIE: Onye e jiri agụmagụ Igbo mara'. Ọ chọpụtara na Ubesie bụ onye a ga-asị na ọ kacha nwee onyinye n'ide iduuazị Igbo. O kwuru na aka ọrụ ya mere ya odee pụrụ iche na cenchuri iri abụọ. Ọ sịrị na ndị ogbo ya nọ n'agụmagụ Igbo na-akpọ ya nwoke nwere ọtụtụ alaka n'ime onwe ya.

Site n'ọrụ ndị a rụtụrụ aka na ntụleghari agụmagụ metụtara isi okwu e ji n'aka, a ga-ahụ na e nwebeghi ọtụtụ ọrụ a rụrụla na 'Ntụle ndịnisi okwu n'iduuazị Tony Ubesie'. Nke a bụ oghere a chọpụtara bụ nke nchọcha a chọrọ imechi; ya mere, nchọcha a jiri dị mkpa ma bụrụ ọrụ kwesịrị ịbagide.

### 2.4 Nchịkọta Ntụleghari agụmagụ

E zipụtara ntụleghari agụmagụ nchọcha a n'ọkpụrụkpụ ndị a: Ntụle echiche ndị bụ isi: nkọwa mkpụrụ okwu njimarụ, ntụleghari atụtụ, atụtụ mmụgharị na nchọcha e merela n'isi okwu. N'okpuru ntụle echiche ndị bụ isi, e lebara anya n'okwu ndị a; Asụsụ na agụmagụ, e gosiri na ewezuga asụsụ, na agụmagụ agaghị adị. A hụrụ asụsụ na agụmagụ dị ka ihe adịghị mfe ikewa n'ihi na agụmagụ bụ asụsụ e tinyere n'ọrụ. Aka nka agụmagụ, bụ nke a kọwara ka ụzọ ọmụmụ e si eleba anya n'usoro na nka odee ji ezipụta ekereuche ya n'agụmagụ o ji n'aka. E kwuru na ọ bụ ụzọ ahụ pụrụ iche odee si ahọrọ ndịnisi okwu na nka ndị ọzọ maara ya ahụ, ọ na-ewebata dị ka ọnọdụ siri chọọ n'ụdị ime ka ọrụ nka ya na-enye ọgụụ mmasị. E lebakwara anya na ndịnisi okwu, dị ka ihe ndị ahụ gbadoro ụkwụ n'ọdịnala na akụkọ ala ndị, nke abụghị isi akụkọ kama ihe iduazị na-ekwu banyere isi akụkọ.

Atụtụ mmụgharị, dị ka ọ pụtara ihe na nchọcha a lebara anya n'atụtụ e nwere ike ịgbado ụkwụ na ya, nyochaa ma ọ bụ mee nseke na ndịnisi okwu agụmagụ. Ajụjụ banyere uru dị n'ịtụcha agụmagụ adịghị mwepụ n'ihi na mgbe mmadụ họọrọ otu iduuazị n'ụdị ịtụcha ya ma hapụ ndị ọzọ, ihe ọ pụtara bụ na odee iduuazị ahụ so n'ihe a na-eme ma a jụwa ajụjụ banyere uru dị na ya bụ iduuazị.

Agbanyeghi nke a, e nwere atụtụ ọzọ ndị nwere n'ime ya ndịna na ọdịdị ọrụ nka, a kpọrọ "atụtụ nka ndịma mma". Ọ bụ atụtụ a ka nchọcha e ji n'aka gbasoro dị ka ụzọ ọmụmụ ya. A họọrọ atụtụ a n'ihi na echiche ya na ụzọ ọmụmụ ya dabara n'isi sekpụ ntị na mbunuche nchọcha a, nke ụfọdụ n'ime ha gụnyere; na iduuazị bụ ụzọ odee na ọgụụ si enwe mmekọrịta. Na mmekọrịta a, odee na-eji nka were ndịnisi okwu kọwapụta mbunuche ya. A bịa na nchọcha e merela n'isi okwu, ọrụ nchọcha ndị nọ n'ihe ọmụmụ agụmagụ ederede Igbo, ma bụrụ nke metụtara kpọm kwem isi okwu nchọcha e ji n'aka, ka e lebara anya ma tụlegharịa.

Ọrụ ndị ahụ e lebara anya gụnyere Mbah na Mbah (2007) nchịkọta na ndịna iduuazị Ubesie. Ikeokwu (2004) ndagba na ndacha amụmamụ asụsụ n'iduuazị Ubesie. Ụzọchukwu (2001) ndịna iduuazị Ubesie. Ezebube (2017) oke na nwunye na ikike ha n'iduazị Ubesie dị ka nseke ụbụbọ katara ahụ. Ezikeojiakụ (1990) Ntụcha ntọala ebe na ndịnisi okwu n'iduazị Ubesie. Nwadike (2001) aka nka Ubesie n'iduazị atọ ya bu ụzọ. Ezugwu (2005) Nka na isi okwu n'iduazị Ubesie. Dị ka ihe ịgba aka ebe, o nweghi nchọcha sitere na nchọcha e merela n'isi okwu gbasoro atụtụ nzara onwe katara ahụ n'ihe ọmụmụ ya. Ọ bụzị oghere a dịnụ, ka nchọcha e ji n'aka chọrọ imechi.

## 3 Usoro nchọcha

### 3.1 Nka nchọcha

Nka nchọcha na-ezipụta ụkpụrụ, ọdịdị, na nkata a ga-eji mejupụta nchọcha e ji n'aka. Nchọcha a, gbasoro usoro nchọcha nke Nka Adịm/Sọvẹẹ. Usoro nchọcha Nka Adịm/Sọvẹẹ, bụ ọka ibe na nchọcha metụtara ka ọnọdụ siri dịrị na mmekọrịta mmadụ na ibe ya. Nke a bụ ezi okwu, n'ihi na isi sekpụ ntị metụtara ihe banyere ịghọta ndị mmadụ na ka ha si emekọrịta n'etiti onwe ha, gbadoro ụkwụ n'usoro obibi ndụ na omenala ha, ebe ha bi (ọgbọrọgbọdọ), ihe na-ebute ndị mmadụ ji eme ụdị omume e ji mara ha, nghọta ha nwere, akparamagwa ha, nkwenye ha d.g. Usoro nchọcha a bụ kpoo ma kwesi ekwesi maka ọrụ nchọcha a nke gbadoro ụkwụ na 'Ndịnisi okwu n'iduuazị Tony Ubesie: Ịma atụ *Isi Akwụ Dara N'ala'* n'ileba anya n'agwa ndị mmadụ na ihe na-akpali mmụọ ha n'ihe dị iche iche dị ka ọ na-apụta ihe n'akwụkwọ agụmagụ.

### 3.2 Oke na njedebe nchọcha

Dị ka a narị atụ anya, o nweghi mgbe nchọcha dị ka nke a, e ji n'aka ga-eleba anya na ndịnisi okwu niile dị n'iduuazị Igbo. N'ihi nke a, ka nchọcha a jiri gbado ụkwụ na naanị ndịnisi okwu n'iduuazị *Isi Akwụ Dara N'ala*. N'ụdị imejupụta mbunuche isi okwu nchọcha a, e hiri asaa n'anya họrọ iduuazị a, ka e nwee ike nweta njatụle a tụrụ anya ya, bụ nke metụtara isi okwu. Mbọ a gbara ebe a bụ ime ka e nwee ezi nghọta nakwa mmasị n'iduuazị *Isi Akwụ Dara N'ala* dị ka o siri metụta ndịnisi okwu, asụsụ nka, nzipụta akụkọ nakwa ihe odee bu n'uche. Nchọcha a lebara anya na 'Ndịnisi okwu n'iduuazị Tony Ubesie: Ịma atụ *Isi Akwụ Dara N'ala'*

### 3.3 Njime nchọcha

Akwụkwọ nchọcha a nyochara, bụ naanị iduuazị *Isi Akwụ Dara N'ala*. Agbenyeghi nke a, akwụkwọ ọgụgụ ndị metụtara isi okwu nchọcha ka a rụtụchara aka, ọkacha nke ndị nọ n'okpuru ihe ọmụmụ a nọ na ya eme nchọcha dere.

### 3.4 Ngwa nchọcha

Ngwa nchọcha e jiri rụ ọrụ na nchọcha a gụnyere; iduuazị Tony Ubesie a hoọrọ, mkparịta ụka dị n'etiti ọchọcha na ndị gụrụla iduuazị a hoọrọ, mkpịsị odee, akwụkwọ ọgụgụ ndị ọzọ sitere n'ọba akwụkwọ ma nke e bipụtara ma nke e bipụtabeghi, igwe nkụpụta mkpụrụ okwu (kọmputa ) d.g.

### 3.5 Usoro nnweta njatụle

Usoro nchọcha a gbasoro nweta njatụle gụnyere, ịgụ, ịchọpụta, ịtụcha, iduuazị Ubesie a họọrọ, mkpụrụ mbido aka e nwetara n'ọba akwụkwọ ndị a gara, echiche na ihe mmụta sitere n'aka ndị nkụzi agụmagụ banyere iduuazị Ubesie na ihe ndị e nwetara n'aka ndị gụrụla iduuazị Ubesie a hoọrọ, banyere isi okwu nchọcha a.

### 3.6 Usoro nseke njatụle

Ngụmi akwụkwọ agụmagụ a họrọ maka nchọcha a, bụ ebe mgbakwasị ụkwụ gbara ọkpụrụkpụ njatụle nchọcha a sitekarịrị na ya. Ọchọcha ga-agụmi, tụchaa, yọchaa akwụkwọ agụmagụ iduazị a hoọrọ nke ga-ewepụta ndịnisi okwu a tụrụ anya a ga-eji tụlee mbunuche nchọcha a.

N'ime nseke njatụle nchọcha a, a gbasoro usoro nka ndịma mma nke Jonathan Charteris-black tụpụtara ma bụrụ nke yitere atụtụ Lakoff na Johnson ji enyocha ekwumekwu. Atụtụ a na-egosi na asụsụ abụghị naanị ụzọ mmekọrịta mmadụ na ibe ya; kama, ọ bụ ụzọ e si agbanwe omume na echiche mmadụ ka ọ kawanye mma. Atụtụ a na-egosi mbunuche na echiche dị n'ime asụsụ nka nke e ji ezipụta ndịnisi okwu agụmagụ. Atụtụ Charteris-black (2006) zipụtara ụzọ atọ e si eme nseke ndịnisi okwu na asụsụ nka e jiri zipụta ha. Nke a gụnyere;_ịrụtụ ha aka, nkọwa ha na igosi ebe e ji ha rụọ ọrụ n'akwụkwọ agụmagụ. Agba nke mbụ bụ ịrụtụ ndịnisi okwu aka, gụnyere ịgụmi iduuazị a hoọrọ ma chọpụta ndịnisi okwu pụtara na ha. Nchọcha a, gbasoro usoro Charteris-black (2004) a na-agbaso arụtụ ndịnisi okwu aka. Usoro atụtụ a dị ụzọ abụọ, nke mbụ bụ ngụmi iduuazị a họrọ ebe nke abụọ bụ izipụta ọnọdụ ndịnisi okwu ndị batara na ya, ka ndị mmadụ ghọta ya site na nhụrụ ụwa ha.

N'ihi usoro atụtụ a, ime nseke njatụle e nwetara na nchọcha a ga-eleba anya, n'ihe akụkọ na-ekwu maka ya ịma atụ; kedu ihe bụ isi sekpụ ntị n'iduuazị a na-ekwu maka ya?, kedu ihe na-ada?, E doziala ya ka ọ bụ na e dozibeghi ya?, kedu ọnọdụ na mmemme ndị ahụ pụtara ihe nke na-ezipụta ndịnisi okwu. Ileba anya n'ụdị agwa nọ n'akụkọ, ụdị ihe ha na-anọchite anya ya nke ga-egosi ndịnisi okwu e ji ha chọọ ka ọgụụ mara; ịma atụ agwa ndidi, agwa ezi okwu, agwa mmesapụ aka, agwa ajọ obi d.g. Omume agwa ndị a, ndị nwere ike ịdị ka ọ natara chi, nwere ike ịbụ ezi omume ma ọ bụ ajọ omume ka a ga-esekacha. Ọzọ dị ka ibe ya bụ njiri mara agwa na ihe ndị ọ na-eme, ebe agwa ahụ dị ire na ebe o riri mperi, ka agwa ahụ si agbanwe n'akụkọ, ihe mere e ji webata ha n'akụkọ, echiche ha banyere okwu ụfọdụ, ka omume ha si emetụta agwa ndị ọzọ nọ n'akụkọ na ọdịmara a kpachara anya webata na ndọkọ akụkọ dị ka ndịnisi okwu ka a ga-esekacha na nchọcha a. N'ikpeazụ, a chịkọtara nka niile Ubesie webatara n'iduuazị ya isii ndị a hoọrọ ma mee nseke ha. A tapịkwara ha n'ụdị ịma ma ọ ga-adaba n'ihe ndị ọgụụ hụrụ n'ọrụ Ubesie ka ọchọcha siri hụ ya.

## 4 Ntụcha iduuazị *Isi Akwụ Dara N'ala*

### 4.1 Nchịkọta akụkọ

Iduuazị *Isi Akwụ Dara N'ala* gbadoro ụkwụ na Chike na Ada. O teghi aka Chike na Ada lụrụ onwe ha, agha wee daa. Chike, onye a maara ka onye ji akụ na ụba, na ntụmadị, kpuru ihu n'ala.

Nwunye ya bụ Ada, bịara ghọọ ide ji ụlọ maka na ọ bụ ya jizị mma jiri ji, onye ọ wanyere, o rie. Dị ka a na-atụ anya n'ebe ụmụ nwaanyị ndị dị ka ya nọ, Ada bịazịrị sowe ụmụ nwoke n'ụdị ịgba n'ezi. Di ya bụ Chike dọrọ ya aka na ntị banyere ụdị ndụ ọ malitere biwe na ihe ọjọọ ụdị ndị ahụ nwere ike ibutere ya mana Ada achịghị ntị nke ọ na-anụ ndụmọdụ Chike nyere ya. Ọ bụghị naanị na Ada gara n'ihu n'akwụna ọ na-agba; kama, ọ kpara nkata igbu di ya. Ọ gbara mbọ hụ na di ya bụ Chike bara amị ka e nwee ike gbuo ya n'ihu ọgụ. A na-asị na ọ bụghị ihe mmadụ na-echere ibe ya, ka Chukwu na-echere onye ahụ n'ihi na, ka ị ma nke a, ị maghị nke ọzọ. Chike mechara bụrụ onye a zọpụtara azọpụta. Ada edinwughi nke ahụ; kama, ọ gbahapụrụ ezi na ụlọ ya gbalaa na ọsụụ ndị agha ebe o binyere ndị amị ndị enyi ya.

Ka Chineke si arụ ọrụ ebube, o teghi aka n'ekwughi ekwu na-akaghị aka, agha biri, ndị enyi Ada niile agbaghapụ ya; ọ nọzịrị n'ịta ikikere eze na ịkwa mmakwaara n'ihi ihe o mere onwe ya. Chike n'aka nke ya lọghachiri n'ụdị e jiri mara ya dị ka osisi na-amị ego ma nwere onwe ya, n'ihe banyere ụbịam. Ada, nwunye ya, n'ihi agụụ na enwetaghi onwe ya, laghachiri azụ na be di ya bụ Chike ka ọ mara ma ọ dị mfe ha abụọ ibikwa dị ka di na nwunye. Chike dị ka onye a maara nwere obi ebere, nyere ya na nwa mkpuke ọ kwọ n'azụ nri na ego ụgbọ ala ma gwa ya na ya alụọla nwaanyị ọzọ; ya bụ, ka o nwee ike gawa ebe ọ bụla o nwere ike ịkpọ be ya.

### 4.2 Isi okwu

Isi okwu iduuazị a, bụ agha. Ubesie gosiri ka ndụ odee nwere ike isi batatụ n'ụzọ ọ bụla n'iduuazị ya. Ubesie dị ka otu n'ime ndị soja Bịafra, (Nwogu, 1991) na-ede dị ka onye nọ ma soro lụọ ọgụ ahụ site n'echiche dị iche iche, ọ na-ede maka ihe agha butere dị ka onye nọ mgbe o mere. O zipụtara ndụ ajọ nwaanyị n'iduuazị *Isi Akwụ Dara N'ala* . Ihe a bụ ihe a ma ama mere n'oge agha mana ka o si akọwa ya na-eme ha ezi okwu ma dịkwa ọhụụ n'uche. N'iduuazị *Isi Akwụ Dara N'ala*, ikposa ezi na ụlọ nke nwaanyị ịgbahapụ ụmụ aka na di ya nke e jiri okwu ọgbọ Biafra zipụta bụ "Dị gbakwa ọkụ" kọwara nke ọma mmekọrịta dị n'etiti Chike na Ada dị ka di na nwunye.

### 4.3 Ndịnisi okwu

N'*Isi akwụ Dara N'ala*, ịgba n'ezi pụtara ihe ma see elu. Ajọ omume a ka a hụrụ n'agwa Ada bụ nwunye Chike. A hụrụ ka Ada siri nata ụgwọ ọrụ ya n'ụdị igosi na agwa ya gbakụtara omenala Igbo azụ. O mechara jiri eze ya kpee ekwere. Ubesie jiri iduuazị a gosi ọnọdụ/ ọkwa ụmụ nwaanyị nọ na di nọ, nakwa ọrụ a tụrụ anya n'aka ha. O mere ka a mata na ebe ọrụ ndị di kwụsịrị, ka nke ndị nwunye bidoro. Ịma atụ, ọ bụ maka mmekọrịta dị n'etiti Ada na ndị ọyị ya ndị soja, mere o jiri kpọọ ha, ka ha bịa tie Chike ihe otu o siri chọọ. Nke a pụtara ihe na ndụ Ada na Chike dị ka o siri metụta ihe nnweta ma ọ bụ akụ na ụba n'ụdị na Chike bụbu ọgaranya mechaa daa, mechaa kulitekwa. Otu a ka Ada siri nwee agba n'oge agha ma ka agha kwusịrị, ọ daa. Lee ndịnisi okwu ukwu na nke nta pụtara ihe n'iduuazị a, bụ nke a kọwara n'uju dị ka ọ na-esote:

### 4.3.1 Alụm di na nwunye:

Nke a bụ mmenụwa nke Ubesie jiri wulite iduuazị ya. Ka e mechara, Chike lụrụ Ada ma were ya gbaa akwụkwọ n'ụka. N'ebe Ada nọ, ọ dị ya ka ọ bụ na nrọ. Ha buru ụzọ gbaa nkwụ, tupu ha gbaa akwụkwọ. Ndị ikwu na ibe nọ, n'ụdị ịgba aka mgbe Chike na Ada gbara akwụkwọ. Lee ka Ubesie siri zipụta ya:

> Ụkọchukwu wee chere ntakịrị, Chike wee gbagote nke ya. O wee jụọ ọha mmadụ sị, ' ọ dị onye maara ihe ga-egbochi mmadụ abụọ a ịlụ di na nwunye?. (*Isi Akwụ Dara N'ala,* ihu 16)
>
> Ụkọ chukwu wee sị, 'ebe ọ bụ na ọ dịghị onye n'ime unu kwuru okwu, onye ọ bụla site ugbu a jide ọnụ ya aka rue mgbe ebighi ebi', mmadụ nile wee kwee 'Amịn'. A kara ụka na-aga n'ihu, wee ruo mgbe Ụkọchukwu kwuru sị, 'ndị Chineke kekọtara ọnụ, mmadụ atọsala ha'. Mgbe ndị mmadụ na-ekwe 'Amịn!' n'ime ụlọ ụka, otu onye ara wee nọrọ n'ezi kwusie ike sị, 'ma ọ bụrụ na ha abụọ ejighi aka ha tọsaa onwe ha. (*Isi Akwụ Dara N'ala,* ihu 17)

### 4.3.2 Ịgba n'ezi:

N'*Isi Akwụ Dara N'ala*, Ubesie, agbanyeghi ihe ndị ọzọ pụtara ihe n'iduuazị ya, webatara igba n'ezi dị ka ndịnisi okwu pụtara ihe n'alụmalụ dị ka o siri metụta ụmụ nwaanyị nọ na di. N'iduuazị a, odee kọrọ maka di na nwunye bụ Chike na Ada. Di na nwunye a bikọrọ ọnụ n'udo n'enweghi nsogbu ọ bụla tụpụ agha Biafra adaa. Mgbe ọnọdụ gbanwere site n'ezigbo ọnọdụ gaa n'ajọ ọnọdụ, Ada gbahapụrụ Chike ma sowe ndị ji ego maka ego ahịa ya na ndị soja nwere ikike ichekwa ya ma ihe sie ike. Ka agha na-aga n'ihu, nri ma ego adịghị n'ụlọ Chike. Naanị ebe nke a nwere ike isite bụ n'aka Ada. Nke a mere o jiri na-eko na nnupụ isi na ngara, ma si otu ahụ na-esogharị ụmụ nwoke, chefuo na ya nọ na di; o si na soja nke a, o fere n'ọzọ. E nwere ike ịsị na o ji ihe o ji bụrụ nwaanyị achị ndị soja. Ka a chụrụ Chike n'ọrụ ebe o so nọrọ n'isi na ndị na-ekesa ndị enweghi ka ọ ha ha nri, ihe bidoro siwere ezi na ụlọ ya ike, nke na ha anaghị erijuzị afọ. Ada achọghị ka agụụ gbuo ya na ezi na ụlọ ya wee banye n'ịgba mbọ. Na mbụ, Chike hụrụ nke a dị ka ihe kwesiri ekwesi, ma ka oge na-aga, Ada bidoro gbawa n'ezi n'ụdị iso ndị soja. Nke a mere o jiri mesowe di ya omume ka a ga-asị na ọ bụ onye na-enye aka n'ezi na ụlọ ma ọ bụ nwa na-eku nwa. Oge a, ka Chike jiri kweta na asịrị a na-asị n'isi Ada. Lee ka Ubesie siri zipụta ya:

> Ụbọchị Chike ji chọọ ịkwụ ụdọ bụ ụbọchị ndị soja abụọ chọọrọ Ada bịa, kwụwa moto ha n'ezi, bịa jụọ Chike ma Ada ọ nọ ya. Chike jụrụ ha ndị ha bụ ma ọ dịghị nke tụpụụrụ ya ọnụ; ha hapụrụ ya n'ezi ebe ahụ bakwuru Ada n'ime ụlọ. Akụkọ ha nọ n'ime ụlọ Chike na-akọ, na ọchị ha nọ ebe ahụ na-achị abụghị ihe nwoke bi be ya ga-eji ntị ya abụọ nụ. (*Isi Akwụ Dara N'ala,* ihu 80).

Chike gara na nke Ada otu ụbọchị, risie nri Ada bunyere ya, wee rịọ ya ego maka ọdị mma ụmụ aka ha, ma Ada egosighi mmasị n'arịrịọ Chike rịọrọ ya n'ihi na o nyeghi Chike ego ahụ. Lee ka Ubesie siri zipụta ya:

> Ebe ha abụọ na-arụ ụka, ha nụrụ aka a na-akụ n'ọnụ ụzọ.'Ọ bụ onye? Otu nwoke wee bata. Ada biliri n'ihu di ya bụ Chike, je bie nwoke ahụ ọma. Onwe Chike gbara ya ka akpị, na nwunye ya ji ego ya lụọ ka nwoke a na-ebi ọma n'ihu ya. Chineke ekwela!. Mmadụ na ibe ya na-ekele. Ekele Ada na nwoke ahụ ghaara nku aka, ghara akpụ aka na-agbagota. Mgbe nwoke ahụ malitere fịọwa Ada aka n'azụ na n'ukwu, ka Chike ji were ọsọ bilie, sị na ya alawala ka mkpụrụ anya ya abụọ ghara ịhụ ihe anya na-asọ nsọ. (*Isi Akwụ Dara N'ala,* ihu 127)

Ada nọchiri anya ọtụtụ ụmụ nwaanyị nọ na di hapụrụ ndị di ha na ụmụ aka ha n'oge agha, ma gbasowe ndị yi kakị ma si otu ahụ mebie nsọ dị n'alụm di na nwunye. Ụdị ndụ Ada bidoro biwe ugbu a mere ya, ọ sị di ya *"Di gbakwa ọkụ" (Isi Akwụ Dara N'ala,* ihu 15*)* nkebi/okwu ụmụ nwaanyị ji eme di ha na ewumewu alum di na nwunye akaje n'oge agha. Ka agha biri, onye ọ bụla laghachiri azụ n'ihe ọ na-emebu, otu a ka Chike siri nweta onwe ya ọzọ; n'ihi ya, Chike nweghachiri ego dị ka ọgaranya nke kpochapụrụ nsogbu ya ozugbo ọ lọghachiri azụ na ndụ ọgaranya (ihu 195). N'oge ahụ, Ada enweghi ihe ọzọ ọ ga-eme karịa ịchọwa ụzọ ya na Chike ga-esi kpezie. Chike abụghị onye ga-ekwe ka nke a bịa na mmezu n'ihi na n'okwu ya, *"Isi akwụ dara n'ala edetula aja" (ihu 205)*. Ozi a kpọm kwẹm ka Ubesie siri n'agwa iduuazị nyefee ndị ọgụụ. Ndịnisi okwu a bụ ịgba n'ezi jupụtara ma dị ire n'oge ugbu a n'ala Igbo. Nke a pụtakarịrị ihe n'etiti ụmụ nwaanyị di ha dara ogbenye na ntụmadị, kara nka, ma ọ bụ ghara ịdị na-eme nke ọma n'elu akwa, n'ihi ahụ ọnwụnwụ d.g.

**4.3.3 Ihe onye metara:**

Ndịnisi okwu a dị ka odee gosiri, mere Ada onye nkịrịka n'ihi na ndị enyi o nwere mgbe ihe dị mma ghahapụrụ ya. Otu onye n'ime ndị enyi ya, mgbe ọ na-akọcha ya, sịrị ya:

> Ada ka m gwa gị ezi okwu, nke mbụ bụ na alụọla m nwaanyị. I lepụ anya n'ezi, ị ga-ahụ ụmụ aka abụọ na-egwu egwu. Ha abụọ bụ ụmụ m. Chukwu na-arụrụ m ọrụ ugbu a bụ na nwunye m anọghị n'ụlọ. Agaghị m alụ nwaanyị abụọ, Nke ọzọ, ọ bụrụ na achọrọ m ịlụ nwanyị abụọ, ọ bụghị gị ka m ga-alụ n'ihi na e ji ihe mere n'oge ochie amara ihe ga-eme n'ịdịnihu. Ọ bụrụ na m alụọ gị mechaa dabaa n'ụdị ajọ ọnọdụ nna gị ukwu bụ Chike nọ mgbe a na-alụ agha, ị ga-eme m ụdị ihe i mere ya. Nne, isi m agaghị aba n'ọba e kere ede.( *Isi Akwụ Dara N'ala,* ihu 201)

Ka agha dasịrị, onye soja tụbara Ada ime, ọ mụtaara otu nwa, ghahapụrụ ya. Ọ gara na be Chike ịrịọ ya ka ọ nabata ya ọzọ dị ka nwunye ya ma Chike jụrụ ịgbaghara ya ma ya fọdụ ịnabata ya ọzọ dị ka nwunye ya. N'iduuazị a, ndị tara ahụhụ na mbụ, ya bụ mgbe ihe kpọrọ nkụ, mechara nweta onwe ha n'ọṅụ ebe ndị nwere ọṅụ mgbe ihe na-esi ike mechara bewe akwa mgbe ndị bere akwa na-enwe aṅụrị. Ụzọ ghere nnọọ nukwu oghe ụbọchị Chike na ndị enyi ya na-ekele Chukwu maka iso na ndị dị ndụ ka agha kwụsịrị. Otu nwaanyị tara ahu, dịzị ka onye mmụọ batara kwụrụ n'azụ ụzọ n'ihi na egwu ekweghi ya ịnọ ọdụ. Chike, onye amaghị onye bataranụ gwara ya ka ọ nọrọ ọdụ. Ka o lere ya anya nke ọma, ọ hụrụ na ọ kwọ nwa n'azụ. Lee ka Ubesie siri zipụta ya:

> 'Nne, onye ka ị chọtara?
> 'Chike ọ bụ m bịara'

EJLLS www.ejlls.com ISSN: 3141-3935 (Online); 3141-3943 (Print)

> Gị bụ onye?
> 'Ada!'
> 'Ada!
> 'E-e?
> 'Gịnị ka ị bịara ebe a ime?'
> 'Biko, abịara m ịrịọ gị ka m lọghachite.'
> 'Chike chikatara ọchị tie, di gbakwa ọkụ!
> …Nne, were ego a gbaa ụgbọ lawa na be nna gị, ma buru n'uche na ọ
> dịghị ihe ga-eme ka m lụkwaa gị ọzọ, maka na ISI AKWỤ DARA N'ALA,EDETỤLA AJA. (*Isi Akwụ Dara N'ala,* ihu 204-205)

Ụzọ niile Chike siri nweta enyemaka n'oge agha bụcha ụzọ niile ndị ahụ o siri nyere ndị mmadụ aka mgbe ọ bụ osisi na amị ego. Lee ihe Ubesie dere banyere nke a:

> Mgbe Enugwu gbaara ọsọ, nna Azụka so na ndị gbatara ọsọ ndụ biri na be Chike n'Ọka. O so na ndị Chike nyere ego nkwado mgbe ha bi na be ya. Anya mmiri juru ya isi maka anya ọ hụrụ Chike n'ụdị ọnọdụ a. Ọ kọwara Chike na ya onwe ya so na ndị na-eke ihe enyemaka n'ebe ahụ e tiri ya ihe. O wee sị Chike ya jee dọwa nke e bunyere ya, bịa ka ya duru ya jekwuru Ụkọchukwu, ka Ụkọchukwu mara onye ọ bụ. (*Isi Akwụ Dara N'ala,* ihu 65)

### 4.3.4 Mgbahapụ:

Ndịnisi okwu a pụtara ihe na ndụ Ada na Obiọra. N'ihi na o teelarị ada na-eche onye ga-aza di ya, mere o jiri kweta ka ya na Obiọra dịwa mma eleghị anya, Chukwu e si otu ahụ bọtaara ya bred. Ọ bụ ezi okwu na Obiọra mechara wụọ ya n'ala mana ọ gbaghị aka. lee ka Ubesie siri dee ya:

> Achọrọ m ka m mee ka ị mata ọtụtụ ihe banyere m, tupu ọ dị njọ. Ọ bụ gịnị?
> Alụọla m nwanyị, mụta ọtụtụ ụmụ. Abụọ n'ime ha amalitela jewe akwụkwọ. Ndị
> ọzọ... (*Isi Akwụ Dara N'ala,* ihu 9)

Agbanyeghị na Obiọra akọchabeghị ihe ọ na-akọrọ Ada, Ada enwetaghịzị onwe ya. Ndịnisi okwu a bụ nke izugbe n'ihi na ọ ka dị ire taa n'ọgbọrọgbọdọ ụwa. A na-enwecha ebe a na-anụ na e tinyere nsi n'ime achịcha Bekee a na-awa n'oge agbamakwụkwọ naanị maka na nwoke ma ọ bụ nwanyị wụrụ ibe ya n'ala ma ọ bụ gbahapụrụ ibe ya. A na-anụkwa na a gbagburu ma ọ bụ na a tọọrọ nwa nwoke ma ọ bụ nwa nwaanyị na-akwado agbamakwụkwọ e leghị anya, ọ bụrụ maka ịwụ mmadụ ibe ya n'ala. Ihe niile a bụcha ihe ndị na-apụta ihe n'oge ugbu a n'etiti ndị ntorobịa n'ala anyị a n'ihe banyere alụmalụ. Lee ka Ubesie siri dee ya:

> Anya Ada ghe oghe, ma Ada anaghị ahụ ụzọ. Ntị Ada ghe oghe ma Ada anaghị anụ ihe. Ọ saghere ọnụ na-ekwu ọtụtụ ihe otu mgbe. Ma n'ime ihe nile ọ na-ekwu ọ dịghị nke nwere isi….Ada nọ otu ebe na-akpọ nkụ ka ji a hụnyere n'ọkụ. (*Isi Akwụ Dara N'ala,* ihu 9)

Ada hụrụ onwe ya dị ka onye Obiọra tere unyi n'ihu nke mere na ọ kpọro ya asị ma kpọkwuo ihe ọ bụla ọnụ kpọrọ nwoke asị. Lee usoro okwu a:

EJLLS www.ejlls.com ISSN: 3141-3935 (Online); 3141-3943 (Print)

> Ada kpọọrọ ihe niile Chukwu kere asị. Ọ kpọrọ ụmụ nwoke niile asị, kpọkwaa ụmụ nwaanyị niile asị. N'anya ya, ụmụ nwoke niile dị ka Obiọra…( *Isi Akwụ Dara N'ala,* ihu 11)

### 4.3.5 Nkwesi ntụkwasị Obi:

Chike bụ onye kwesiri ntụkwasị obi n'ihi na o debegidere iwu jikọrọ di na nwunye ruo na njedebe n'agbanyeghị ọnwụnwa niile nwara ya. O meghere ụzọ hụ ọmarịcha nwa agbọghọ. Ọ bụrụ mgbe ọ bụ Chike n'onwe ya, o nweghi ihe ga-eme ka ọ ghara ile nwa agbọghọ ahụ anya oke ọkpa na-ele nnekwu. Ma mgbe o chetara na Chukwu ejikọọla ya na Ada ọnụ dị ka di na nwunye ma chetakwa na o nweghi ihe kwesiri ịtọsa ha abụọ, bụragodu nwa agbọghọ ahụ bituru mma aka. Lee ka Ubesie siri zipụta ya:

> O wee meghee ụzọ baa n'ime ụlọ ahụ, hụ ọmarịcha nwa agbọghọ nọ n'oche ebe ahụ, na-agụ akwụkwọ. Ọ bụrụ mgbe Chike ka bụ Chike, ọ dighị ihe ga-eme ọ ghara iji ọnụ ụtọ ya kwuhie nwa agbọghọ ahụ obi. Ma ugbu a, Chineke ejikọọla ya na Ada ọnụ. Ọ dighị ihe nwere ike ịtọsa ha, ọ bụladị nwa agbọghọ ahụ mara mma. (*Isi Akwụ Dara N'ala,* ihu 38)

Ubesie zipụtara ọtụtụ ebe, ndị soja ụfọdụ nọrọ gosi na ha ka nwere ugwu na nsọpụrụ dị ka ndị a zụrụ azụ. Ịma atụ ebe a bụ Chukwuma nwa nne Chike nwoke bụ onye anabataghị ajọ omume Ada mgbe ọ bụla ha na ya nọ. Mgbe e zigara ndị soja ụfọdụ ka ha gaa gwa Ada ka ọ kwapụ ebe o bi n'ihi na ndị amị chọrọ iji ebe ahụ mere ọnụ ụlọ ọrụ, o nweghi ihe Ada emeghi ka o nweta ndị soja ahụ mana ha aṅaghị ya ntị. Ịma atụ ọzọ bụ Obi, onye soja Chike resiri redio ya. Obi aṅaghị enyi ya nwaanyị ntị bụ onye chọrọ ya ka ọ taa soja na-enyere ya aka ahụhụ maka inupụrụ ya (enyi Obi nwaanyị) isi ma nyere Chike aka ka ọ hụ Obi n'ụdị ịgbakụta ihe enyi nwaanyị Obi gwara ya azụ. Lee ka Ubesie siri dee ya.

> "Ma ọ bịa n'ọrụ amị, na ị bụ nna ya erughi ya, ma ya fọdụ ịbụ enyi ya nwaanyị. Gịnị ka nwa agbọghọ dị ka nke a bụ n'ihe gbasara ọrụ amị ya? (*Isi Akwụ Dara N'ala,* ihu 40)

Lee ihe Obi gwara enyi ya nwaanyị ahụ enweghi ugwu na nsọpụrụ dị ka odee siri dee ya:

> Gee ntị! Ndụka bụ onye agha. Mụ onwe m bụ onye agha. Mụ ka Ndụka na-efe. Ọ bụghị gị ka a sị ya fewe, n'ihi na ọ dighị ihe jikọrọ gị na ya. Onye isi nke a bịa, o nye m iwu nke ya; nke a bịa, o nye m iwu nke ya. Gị onwe gị bịa ebe a, ị bịa inye m iwu nke gị! Ụbọchị ọzọ ị nwara nke a anwa, anya gị ahụ ntị gị ….Chike biko kọwara m ihe ị na-akọọrọ m ( *Isi Akwụ Dara N'ala,* ihu 40-41)

Ebe ọzọ odee gosiri mmadụ inwe ugwu na nsọpụrụ bụ n'agwa onye soja e ziri ka ọ na-eleta ngwa ahịa Ada ndị soja natara ya dị ka ahịa iwu. Ọ gbadosiri ụkwụ ike na Ada ga-agarịrị n'ọnụ ụlọ ọrụ ya gaa chere ya ma gbakwụta arịrịọ na ọnwụ niile Ada rịọrọ/siri ịga n'ụlọ ya chere ya. Ada nyere odibo/onye ozi soja ahụ ego ma zighachị ya azụ ebe ọga ya nọ, nke gbakụtara ntụzi aka onye isi ya ahụ, nyere ya azụ. Lee ka Ubesie siri dee ya.

> Ka o si dewe ihu wee pụta gosiri onye ọbụla na ọ bụrụ na o jighi ọsọ gbapụta, onye isi ha ahụ gara iji ụra machie ya ntị. (*Isi Akwụ Dara N'ala,* ihu 93)

Ada enweghi ohere ọzọ karịa ịga n'ọnụ ụlọ ọrụ a gwara ya ka ọ gaa chere. Ka o ruru Ada ịhụ onye isi ahụ n'ọnụ ụlọ ọrụ ya, Ubsie dere.

> Ehe-e? Nwaanyị, gịnị ka m ga-emere gị?' Ka nwoke ahụ si dewe ọnụ jụọ ya ajụjụ ahụ gosiri Ada na nwoke ahụ abụghị anụ oriri. Ada wee chọọ ka ọ kpụmite oche ya…'Nọrọ ebe ahụ ị nọ, ma na-ekwusi okwu ike, ka m wee na-anụ ihe ị na-ekwu. ( *Isi Akwụ Dara N'ala,* ihu 93-94)

Ka Ada kọchara akụkọ ya, ọ jụrụ onye soja ahụ ma ọ bụ ya ka ngwa ahịa ya ahụ e ji eji dị n'aka. Nwoke ahụ zara ya eee ma gwakwa ya na ya ekeela ya ndị amị. Ada kpụdowere nwoke ahụ nso ma rịọ ya ka ha abụọ gaa n'ụlọ ya (Ada). Nwoke ahụ jụrụ ma nye ya iwu ka o kwuru na-aga. Lee ka Ubesie siri zipụta ya.

> Ada wee para ego o kere na ngwugwu na ngwugwu bunyewe nwoke ahụ, nwoke ahụ sere aka n'ike, ego ahụ niile tọghee, wụsa n'ala. Ihu wee gbarụọ onye isi ndị agha ahụ. O wee sị Ada, 'jee kelee chi gi na obi dị m mma taa'. Wezuga nke ahụ, agara m ịgwa ndị agha m ka ha kpọchie gi. Asịrị m gị na ego a na-akwụ m anaghị ezuru m?. (*Isi Akwụ Dara N'ala,* ihu 94)

### 4.3.6 Mpụ na aghụghọ:

Nkarị n'ime ndị soja niile e nwere n'oge agha tụfuru ugwu na nsọpụrụ ha nwere tinyere ezi omume. Odee ahapụghị nke a n'akụkọ ya. Ndị soja na-emetọ ụmụ nwaanyị niile, ma ndị lụ di ma ndị alụghị. Ha na-eti ụmụ okorobịa enweghi mmasị ịba amị ihe tinka tiri paanụ. Ịma atụ bụ otu onye soja na-atụnyere Ada. Ada yiri Chike egwu na ọ bụrụ na ọ kpachaghị anya n'ụdị ịdị na-erubere ya isi, o nyefee ya soja enyi ya nwoke ka ọ gwọọ ya ịba. Odee zipụtakwara ebe ọzọgasị ndị soja kpara agwa ezighi ezi n'oge agha. Nke mbụ bụ ndị soja gara iburu Ada n'ụlọ, ya na ezi na ụlọ ya bi. A gbanyeghi olu ọma Chike jiri jụọ ha onye ha na-achọ, ha atụpụghịrị ya ọnụ. Ndị soja ahụ, ma na Ada bụ nwunye Chike. Ha hapụrụ Chike n'iro ma baa n'ime ebe ha na Ada nọrọ kpaa ụbụbọ; ha mechara duru ya pụọ, ije kpori ndụ. N'ezi okwu, ụdị agwa a jọgburu udele na njọ ma sigbuo nkakwụ n'isi. Lee ka Ubesie siri dee ya:

> Ụbọchị Chike ji chọọ ịkwụ ụdọ bụ ụbọchị ndị soja abụọ chọọrọ Ada bịa, kwụwa moto ha n'ezi, bịa jụọ Chike ma Ada ọ nọ ya. Chike jụrụ ha ndị ha bụ ma ọ dịghị nke tụpụụrụ ya ọnụ. Ha hapụrụ ya n'ezi ebe ahụ bakwuru Ada n'ime ụlọ. (*Isi Akwụ Dara N'ala,* ihu 80)

Ebe ọzọ bụ mgbe ndị soja jidere ndị na-agbara Ada odịbo ahịa ma nara ha ngwa ahịa ha bu. Ada gara ịhụ onye isi na-ahụ maka nke ahụ. Mgbe ọ jụrụ ese, a gwara ya ka o chere n'ọnụ ụlọ ọrụ ma Ada siri ọnwụ ịhụ soja ahụ n'ụlọ ya (soja). N'ụdị ịhụ na o mejupụtara nke a, ọ gwara onye ozi ahụ ka ọ lọghachi azụ gwa ọga ya na ọ bụ nwaanyị mara ezi mma bụ onye bịara ịhụ ya. Tupu nwoke ahụ apụwa, Ada nyere ya naịra iri. Lee ka Ubesie siri dee ya:

> Ada zighachiri nwoke ahụ, sị ya jee sị onye isi na ya chọrọ ịbịa na be ya hụ ya. Tupu nwoke ahụ ejewe, Ada dupụtara ya n'akụkụ, sọnye ya naịra iri n'aka, sị ya o ruo, ya sị onye isi ha na ọ bụ ọmarịcha nwa agbọghọ bịara ịhụ ya. Nwoke ahụ wee were ego e nyere ya tinye n'akpa, gaa hụ onye isi anya ọzọ. Ka o si dewe ihu wee pụta gosiri onye ọ bụla na ọ bụrụ

EJLLS www.ejlls.com ISSN: 3141-3935 (Online); 3141-3943 (Print)

> na o jighi ọsọ gbapụta, onye isi ha ahụ gara iji ụra machie ya ntị. (*Isi Akwụ Dara N'ala,* ihu 93)

O nweghi mgbe Ada jiri nwee ezigbo omume. Ubesie zipụtara nke a n'ụdị omume na ụzọ Ada siri mechie ụzọ ụgbọ ala nwoke nyeere ya aka bulite ya mgbe ọ na-aga na nke soja enyi ya nwoke ịjụta ase ndị jidere ngwa ahịa ya. Lee ka Ubesie siri dee ya.

> Nwoke ahụ wee buru ya, buruo ya na be enyi ya nwoke. O wee rịda, kwachie ụzọ n'ike ka a ga-asị na ọ bụ ya nwe ụgbọ ala ahụ jewe ebe ọ na-eje, n'ekeleghi onye nyeere ya aka. (*Isi Akwụ Dara N'ala,* ihu 92)

Ọtụtụ ụmụ nwaanyị nọ na di n'oge ugbu a dị ka Ada. N'anya ụdị ụmụ nwaanyị a, ụmụ nwoke dị ka akwụkwọ e ji ehicha ike, i were ha hichie ike, i tụfuo ha. Ebe ọzọ iri ngarị pụtara ihe dị ka odee siri zipụta ya bụ n'agwa ndị soja nwere ọzụzụ pụrụ iche maka ibunye ndị otu ha nọ n'Otuọcha na ebe ndị ọzọ mgbọ egbe. Agbanyeghi aka niile a dọrọ ha na ntị banyere idu ndị eyighi kakị aga ebe ọ bụla ha na-aga ibunye mgbọ egbe, ha nupụrụ isi n'ihi ego ngarị ndị nọ n'ahịa 'atak' na-enye ha. Lee ka Ubesie siri zipụta nke a.

> Ọ bụ ezi okwu na ndị isi ha nyere ha iwu ha edula ndị nkịtị na-esi ụzọ ahụ, ndị na-azụ ahịa mee ha aka n'aka, ha eduru ha si ya bụ ụzọ. (*Isi Akwụ Dara N'ala,* ihu 96)

Ada rụrụ arụ, nke na o nweghi ihe dị iche na Ada na iri ngarị. Oge ọ bụla Ada na-apụ maka ahịa 'atak' ya, ọ ga-ewepụtarịrị ego ọ ga-eke dị ka ngarị ka o wee ruo ebe ọ na-aga ma nweta ihe ọ chọrọ. Lee usoro okwu a:

> …ma o ji ego ahụ, n'ihi na a naghị ama ihe ama, ka ọ ga-abụ o ruo, na mmụọ e ji ụrịọm ọkụkọ emerịa, o nye ya ụrịọm ọkụkọ. O ruo na nke e ji oke ọkpa emerịa, o nye ya oke ọkpa. Ala mịwa amị, e jiri mkpọ gawa ya. Ndị amị na-eche nche wawa anya, o jiri ego sọchie ha ọnụ. (*Isi Akwụ Dara N'ala,* ihu 99)

Ebe ọzọ ngarị na nnupụ isi pụtara ihe dị ka ndịnisi okwu n'*Isi Akwụ Dara N'ala,* bụ ụbọchị Ada na ndị ahịa ya na-alọta ahịa, ndị soja wee nwụchie ha. Ka onye isi ndị soja ahụ nyochachara akpa ndị isi aba okpu a, o nyere otu onye n'ime ndị soja ahụ ka o mee ndị ahụ ihe bụ uche ya. N'egbughi oge ọ bụla, onye soja ahụ kwụbara ha n'ahịrị, nye ha shọvelụ ka ha were gwuo ili ha. N'oge ahụ, Ada wee bewe akwa. Onye soja ahụ lere Ada anya ma gwa ya ka ọ kwụpụ n'akụkụ, Ada mere ka soja ahụ nyere n'iwu ma hapụ ndị ọzọ. Lee ka Ubesie siri zipụta nke a:

> Nwoke a hapụrụ ndị otu ya ka ha leruwe ndị na-egwu olulu anya, duru Ada jee n'otu akụkụ, jụwa ya ma ọ ga-ekwe ka ọ lụọ ya. Ada wee saa ya sị ya na ya ga-ekwe ka ọ lụọ ya ma ọ bụrụ na ọ ga-ekwe ya dị ndụ. Nwoke ahụ sịrị ya ka ọ hapụ okwu, n'ihi na o nweghi ihe nke ahụ bụ. Ọ gwara Ada na ọ gakwaghị eso na ndị a ga-egbu egbu. (*Isi Akwụ Dara N'ala,* ihu 104).

N'ọgbọrọgbọdọ anyị ta a, ọtụtụ ndị soja, dị ka ndị a kpọrọ aha dị n'*Isi Akwụ Dara N'ala,* bụ ndị odee kọwara ka ndị e jiri ịñụ mmanya na idu ụmụ nwaanyị mara. Otu Ada a, a na-ekwu maka ya mechara gbahapụ soja ahụ larie. Ka ọ na-agba ndị soja ọzọ jidere ya kpụgara ya otu nwoke bi n'ụlọ akanya bụkwa nke ndị soja bi ebe ahụ nwe. Dị ka odee zipụtara, mgbe ndị soja ahụ jidere Ada

lọtara, o gburu ha oge ikecha ego Ada butere. N'uche ha, ọ bụrụgodu na o nwere ihe ọzọ Ada nyere onye isi ha, ọ gbasaghị ha ebe ọ bụ na ha enwetala ihe ha chọrọ. Lee ka Ubesie siri zipụta ya:

> Ha kpụụrụ Ada gakwuru otu nwoke bi n'ụlọ akanya ndị soja ebe ahụ. Mgbe ha kpụtara Ada, ha niile jesara. Ma mgbe ha lọghachitere ọzọ, o were ha ọtụtụ oge, tupu ha kechaa ego Ada bunyere ha. O nwee ihe ọzọ o nyere onye isi ha na nzuzo, ya rie nke ahụ, n'ihi na ha enwetala ihe ha na-achọ. ( *Isi Akwụ Dara N'ala,* ihu 108)

### 4.3.7 Ajọ Obi:

Ọtụtụ ụmụ nwaanyị bịara nwee ajọ obi n'oge agha, naanị maka na ha bụ ndị ezi na ụlọ ha ji ahụ ụzọ. Ada gosiri ụdị agwa a mgbe ọ chọpụtara na ọ bụ site na mbọ ọ gbatara ka ezi na ụlọ ya si eriju afọ, wee bido chiwe Chike ọnụ n'ala. O mechara hapụ ha gaa chọrọ ụlọ nke aka ya. Mgbe Chike gakwuru ya na be ya, o mesoro Chike omume ka ọ bụ odibo ya. Ha abụọ nọ n'ọnụ ụlọ Ada, ma o nweghi onye tụpụụrụ ibe ya ọnụ. Onye lere Chike anya nke ọma na ngụ nwere ike ịgụta ọkpụkpụ olee dị ya n'ahụ. Gịnị bụ nsogbu ya? Agụụ. Ada bara n'ime ụlọ bupụta igbe ego juru n'ọnụ pịm. Ọ bụ ka ọ gụchara ego ahụ na-achọzị ibuba igbe ego ahụ ka Chike ghọtara okwe Ada chọrọ ịzụ. Lee ka Ubesie siri zipụta nke a:

> Ma mgbe Ada gụchara ego ahụ, buru igbe ahụ ka o buba, Chike wee tie obere mkpu. Ọ bụ gịnị? Chike wee gbudo ikpere n'ala na-arịọ Ada ka o nyetu ya ego, ya na ụmụ ya na Ada mụtara ga-eji na-eri ihe. Ma akwa nile Chike bere emeghi ka Ada gbanwoo uche ya. ( *Isi Akwụ Dara N'ala,* Ihu 122-123)

Wezụga Ada, enyi nwaanyị Obi gosiri nzuzu dị ukwuu na ajọ obi o nwere site n'agwa ọ kpasoro Chike na odibo Obi; onye soja nwere ugwu na nsọpụrụ n'ebe ọ dị ukwuu dị ka nna ya ukwu. Na mbụ, enyi nwaanyị Obi jụrụ na Chike agaghị ahụ Obi; nke abụọ, enyi nwaanyị Obi chọrọ ka Obi taa Ndụka ahụhụ maka inyere Chike aka ịhụ Obi, maka na Ndụka ekwetaghị n'iwu enyi nwaanyị Obi nyere banyere Chike ịhụ nna ya ukwu. Lee ka Ubesie siri zipụta nke a:

> Nwa agbọghọ ahụ wee ledo Chike anya n'ihu, sị ya, 'Eh-e-e Onye ka ị na-achọ?
> 'Achọrọ m ịhụ Obi.' 'Ọ bụ nwa nne gi? 'Mba' 'Lawa, o ruo na mgbede, ị bịa ọzọ.
> Iwe rụrụ Chike afọ. (*Isi Akwụ Dara N'ala,* ihu 38)

Mgbe Ndụka nụrụ olu ndị mmadụ, ọ pụtara ma ozugbo ọ hụrụ Chike, ọ matara ya, matakwa ka ọ ha. O nyere Chike oche ma gwa ya ka o chere ka ya kpọọ Obi. Ọ gara ozugbo ịgwa Obi na Chike chọrọ ịhụ ya, ka ọ na-aga, enyi nwaanyị Obi ji iwe kpọọ ya ka ọ lachiwe azụ ma na Ndụka egeghi ya ntị. Mgbe Obi pụtara, ka o siri kelee Chike mere ka iwe enyi ya nwaanyị kara njọ. Lee ka odee siri depụta nke a:

> Ka o si kelee Chike mgbe ọ pụtara mere ka nwa agbọghọ ahụ wee iwe karịa nke ọ na-ewebu ewe…ka ha abụọ na-akparị, nwa agbọghọ ahụ jeere ka onye ndị mụrụ ya na-azụghị azụ, bata n'ebe Obi na Chike na-akparị ụka, kpesawara Obi maka Ndụka. Iwe juru Obi obi, ma o jisiri ike jide onwe ya aka ka nwoke. (*Isi Akwụ Dara N'ala,* ihu 39)

### 4.3.8 Ọma iko:

Ubesie webatara ọma iko dị ka ndịnisi okwu ya n'*Isi Akwụ Dara N'ala*. Nke a pụtakarịrị ihe n'agwa Chike. N'ụlọ Chike n'ỌKa, ọnụ ụlọ abụọ bụ nke ya. Ndị ọzọ bụ nke ndị soja na ndị gbalatara ọsọ ndụ. E mechara, ndị soja kwapụ. Lee ka Ubesie siri gosi ụdị ọma iko Chike nwere n'ebe ihe banyere ndụ na mmekọrịta mmadụ na ibe ya dị.

> Ndị mmadụ na-atụ anya na ọ ga-akpakọrọ ọnụ ụlọ asaa ndị agha si na ha kwapụ. Ma, o jere kpote ndị mmadụ si obodo ọzọ gbata ọsọ ndụ, wee dochie ọnụ ụlọ isii, hapụrụ nwunye ya otu nke ọzọ. **(***Isi Akwụ Dara N'ala,* **i**hu 31)

Nri Chike na-eri n'ụlọ ya anaghị atọ ya ụtọ n'ọnụ, ebe ọ na-eche maka ahụhụ ndị gbatara ọsọ agha bi na be ya na-ata. Lee ihe odee dere maka nke a:

> Ihe Chike na-eri adịghị atọ ya ụtọ n'ọnụ ma ọ na-ele ndị bi be ya ka ha na-ata ahụhụ. Oge ụfọdụ, o rifọọ ihe oriri, ọ kpọọ ụmụ aka ndị a bunye ha, ha rie. Ma kedu maka ndị mụrụ ụmụ aka ndị a? Chike amaghị ihe ọ ga-asa onwe ya maka ajụjụ a. (*Isi Akwụ Dara N'ala,* ihu 31)

Chike na-eri nri na be ya otu ụbọchị, wee hụ ka ndị mmadụ gbakọrọ n'iro; ọ hapụrụ iri nri ahụ ọ na-eri, gbapụ n'ezi ka ọ mara ihe na-eme. Ka o ruru ebe ahụ, ndị mmadụ na-eku otu nwoke, a na-ekwu na agụụ kwaturu akụpe. N'uche Chike, akụpe a na-eku nwoke a bụ ibelata ajụ ma nke ahụ agaghị agwọ ya ihe ji ya, n'ihi na ọ bụ naanị nri bụ ihe ga-akpọghachi ya azụ. Lee ka Ubesie siri zipụta nke a:

> O wee jiri moto ya bilie, jewe n'ụlọ akụ dị n'Ọka. O wee sị ha na ihe ya bịara ịdọrọ bụ nnarị naịra anọ. Ego bụ nke ya. Ịrụ ụka adịghị ya. Ndị ụlọ akụ gụụrụ nnarị naịra anọ, gụnye ya n'aka. Mgbe o ruru ụlọ, ọ kpọkọrọ ndị bi be ya, kewe ha ego dị ka mkpa onye ọ bụla si dị, ha wee malite ịzụ ahịa, maka na ụgbọgịrị mịara gị, mịara nwunye di gị, i risaa nke gi ahụ. Ndị bi be Chike na-eri ihe, nke Chike na-eri ga na-adị ya ụtọ.( *Isi Akwụ Dara N'ala,* ihu 32).

N'ihu akwụkwọ 33, Ubesie chịkọtara ụdị ezigbo mmadụ Chike bụ n'ahịrị okwu ndị a na-esote:

> Naanị ọrụ maka ọdị mma nke ụmụ mmadụ, ka Chike wepụtara onwe ya na-arụ. Ihe nhịa ahụ dịịrị ya dị ka ọ dịịrị onye ọ bụla nọ n'obodo a na-alụ agha. Ma, ọ hụ onye nke ya ka njọ, ọ hapụ nke dịịrị ya, jewe inyere onye ahụ aka. (*Isi Akwụ Dara N'ala,* ihu 33)

### 4.3.9 Anya ụfụ:

Nke a bụ ndịnisi okwu ọzọ Ubesie webatara n'iduuazị *Isi Akwụ Dara N'ala*. Anya ụfụ dị ka ihe jupụtara n'ụwa taa pụtara ihe n'ihu akwụkwọ iri na isii n'etiti ndị mmadụ, ọkacha ndị ụmụ agbọghọ niile Chike mesoro enyi, ọ hapụrụ ha lụọ Ada. Mgbe ndị ukwe (choristers) malitere ịgụta egwu, Ada na Chike na-agbago n'elu ebe Ụkọchukwu nọ, Ada kwụrụ ọtọ na-aga ije onye ọ gaziere n'ụdị isoro di ya na-agbago n'elu ebe Ụkọchukwu nọ. Ubesie dere:

Ụfọdụ na-ele ya ajọ anya. Ụfọdụ enweghi ike ịkọwa ụdị anya ha na-ele Ada. Ufọdụ ụmụ agbọghọ ndị chere na Chike ga-alụ ha, na-ele Ada anya njọ maka na o kponyerele ha aja na nri. Ada ji anya wee mara ndị dị otu a, n'ihi na ọ maara ndị ya na ha so chụkọọ ngwere ahụ. (*Isi Akwụ Dara N'ala,* ihu 16)

## 5 Nchịkọta

Nchọcha a wepụtara ọtụtụ ndịnisi okwu pụtara ihe n'iduuazị *Isi Akwụ Dara N'ala*.

Nchọcha a gosipụtara ebe ndịnisi okwu ndị a batara na ihe odee bu n'uche webata ha.

A chọpụtakwara na ọ hịara ahụ odee agụmagụ ọzọ ịkọpịrị kpọm kwẹm ndịnisi okwu ya na ụzọ ngọrị ngọ ahụ o si achọ agụmagụ ya mma dị ka ọnatara chi onye. Ka o si eji asụsụ ezipụta ekereuche ya mere ya odee agumagụ ndị mmadụ na-atajiri anya nke odee ndị ọzọ enweghi, e leghi anya ọ bụrụ ya mere ndị ọgụụ ji enwe mmasị n'iduuazị ya.

A chọpụtara na agwa agụmagụ ya na-akwụpụta, yie ezi okwu, dị ndụ ma bụrụ mmenụwa. Ịma atụ, n'iduuazị *Ụkpana Okpoko Buuru*, omume Maazị Obijiọfọ mere mgbe ya na ụmụ ya na-aga ọhia ịchụ nta site n'itinye ukpoo n'ime mmiri nke jitere azụ ọ kpụbatara n'ime ụgbọ ma bụrụ nke ọ gwara ụmụ ha na ya agaghị eso ri ma a kpachaghị anya, na ha onwe ha agaghị eso ri ya n'ihi na ha hụ ihe chọrọ iri isi ha , ha nye ya okpu ha, zipụtara onwe ya ka ihe mere eme.

### 5.1 Mmechi

A bịa n'ọnọdụ iduuazị n'asụsụ Igbo, na o nweghi onye na-ede ka Ubesie ma o nweghi onye Ubesie na-ede ka ya. Ndịnisi okwu ya na nka asụsụ ya, kewara ya na ndị ogbo ya, bụragodu mgbe ha na-ede n'otu isi okwu.

Nchọpụta na-egosi na ihe mere akụkọ dị n'iduuazị ya a, ji adị ka mmerenụwa bụ n'ihi na ọ na-esi n'ihe ndị na-emegasị n'ọgbọrọgbọdọ na ihe ndị ọ hụrụla na ndụ ewere ndịnisi okwu iduuazị ya.

A chọpụtara na Ubesie, n'ezi okwu bụ odee iduuazị deere ndị Igbo banyere ndị Igbo. ọtụtụ ndị mmadụ na-agụ iduuazị ya n'ihi amamihe, ikpa ọchị na ihe mmụta dị na ya. O jighi ihe banyere aka ọrụ ya egwu egwu. Ubesie aghọọla anwụ anwụ. Agbanyeghi na ọ nọghịzị ndụ; ọ ka nọ na-agwa ụwa okwu ma ụwa ka na-anụ olu nne ya, olu ọkwa ya, olu ọha na nzara onwe ya n'ime akụkọ dị n'iduuazị *Isi Akwụ Dara N'ala* bụ nke nchọcha a lebara anya na NDỊNISI OKWU ya.

## Nrụtụaka

Abrams, M. H. (1957). *A glossary of literary terms* (3rd ed.). New York: Holt and Rinehart Inc.

Dike, G.A. (2001). A Stylistic Study of Tony Ubesie's Three Novels: *Isi Akwụ Dara N'ala, Ụkwa Ruo Oge Ya, Ọ Daa, and Ụkpaka Mịịrị Onye Ụbịam*. In E.N. Emenanjọ (ed) *The Man and The Artist*. Owerre: Afrika-Link Books.

Ezikeojiakụ, P.A. (2001). Themes in the Novels of Ubesie. In E.N. Emenanjọ (ed) *The Man and The Artist.* Owerre: Afrika-Link Books.

Griftith, K. (1982). *Writing Essays about Literature: A Guide and Style Sheet*. New York: Portharcout Brace Jovanirich Publishers.

Hoiquist, M. (2002). *Dialogism: Bakhtin and his world* (2nd ed.). London: Routledge.

Holman and Harman, (1972). *A Handbook of Literature*. New York: The Odessey Press Inc.

Mbah, B.M. and Mbah, E.E. (2007). *Azụonye: Lectures on Igbo Literature and Stylistics*. Nsukka: Uninivesity of Nigeria Press.

Mbah, B.M. etal. (2013). *Igbo Adị: Igbo-English, English-Igbo Dictionary of Linguistics and Literary Terms.* Nsukka: University of Nigeria Press.

Mikhail, B. (1981). *Discourse in the novel: The dialogic imagination: Four Essays.* Trans. Michael Hoiquist and Caryl Emerson. Austin: University of Texas Press, 1981

Nwadike, I. U. (2001) (Ed.). A stylistic study of Tony Ubesie's first three novels in Tony Ubesie: *The Man and The Artist.*

Nwadike, I.U. (1986). Nsiripuru Ụkpana Okpoko Buuru in Anụ: *A Magazine of Igbo Culture, Fourth Edition.*

Nwaozuzu, G.I. (2001). Characterization in Tony Ubesie's Novels In E.N. Emenanjọ (ed) The *Man and The Artist*. Owerre: Afrika-Link Books.

Onyekaọnwụ, G.O. (2001). Tony Ubesie and the Evolution of the Igbo Language In E.N. Emenanjọ (ed) *The Man and The Artist*. Owerre: Afrika-Link Books.

Ubesie, T. U. (1973). *Isi Akwụ Dara N'ala.* Ibadan: Oxford University Press.

Ụzọchukwu, S. (2001). Tony Ubesie and the Art of Igbo Novel. Some Brief Notes In E.N. Emenanjọ (ed) *The Man and The Artist.* Owerre: Afrika-Link Books.

Wanner, A (1961). *A short guide to English style*. London: Oxford University Press.

**Nsiri nweta intanent**

http://dictionary.reference.comlbrowse/stylistics

http://www.answers.comltopie/stylistics

http://www.en.wikipedia.org/wiki/Rhetoric